
IHE E MERE NWATA
ISBN: 978 - 8116 - 53 - 1
IHE E MERE
NWATA
CHINEDUM E. OFOMATA

# IHE E MERE NWATA

**CHINEDUM E. OFOMATA**

**FORMAT PUBLISHERS (NIG) LTD**
***(Publishers of Ideal Textbooks)***
84 Obiagu Road
P. 0. Box 729, Enugu.

Enugu State, Nigeria.
Phone: 08033393296
E-mail: formatpublishers30@g-mail.com

*Published by:*
**FORMAT PUBLISHERS (NIG) LTD.**
***(Publishers of Ideal Textbooks)***
84 Obiagu Road
P. O. Box 729, Enugu.
Enugu State, Nigeria
**Phone:** 08033393296

First Published **2020**

**© Format Publishers (Nig) Ltd.**

**ISBN: 978 – 8116 – 53 - 1**

O nweghị Onye, Ndị maọbụ Ụlọọrụ ọbụla nwere ike ịkọpịrị n’ụdị n’ụdị ọbụla maọbụ bipụta ihe ọbụla dị n’ime akwụkwọ a na-ebughị ụzọ nata onye dere ya maọbụ ụlọọrụ bipụtara ya (**FORMAT PUBLISHERS (NIG) LTD)** ikike zuru oke.

## NDỊNAYA

**Isiokwu Ihuakwụkwọ**

Okwu Mmalite - - - - 6

**ISI NKE MBỤ:** - - - - 8

Ọpụpụ Ka Mma - - - - 8

**ISI NKE ABỤỌ**: - - - - 12

Chinaza Na-Eleta Ụmụaka Ha Anya 12

**ISI NKE ATỌ**: - - - - 16
Chinaza Dị Nwayọọ - - - 16

**ISI NKE ANỌ:** - - - - 21
Ihe Anaghị Emebu - - - 21

**ISI NKE ISE:** - - - - 26
Chinaza Atọla - - - - 26

**ISI NKE ISII:** - - - - 31
Nnenna Ahụla Ebe O Bidoro Aka - 31

**ISI NKE ASAA:** - - - - 36
Aka M Dị Ọcha - - - - 36

**ISI NKE ASATỌ:** - - - 42
Mụ Na Ha Agaghịzi Ebi - - 42
**ISI NKE ITOOLU:** - - - 48
Kpọlaa M Be Anyị - - - 48

**ISI NKE IRI:** - - - - 53
Nkụ Onye Kpara N'ọkọchi- - 53

**ISI NKE IRINAOTU:** - - - 57
Ọ Ga-Ekwetakwa? - - - 57
**ISI NKE IRINAABỤỌ:** - - - 61
O Nweghị Ihe Okigwe Mere M - 61
**ISI NKE IRINAATỌ:** - - - 66
Aka Chinaza Dịkwa Ọcha - - 66

**ISI NKE IRINAANỌ:** - - - 72
Ihe Zoro Ezo Eseela Elu - - 72

**ISI NKE IRINAISE:** - - - 79
Chinaza Nọzi N’enyi - - - 79

**ISI NKE IRINAISII:** - - - 85
Chinaza Nwere Ozi - - - 85

**ISI NKE IRINAASAA:** - - 89
Gbaghara Anyị - - - - 89

**ISI NKE IRINAASATỌ:** - - 94
Chinaza Agụchaala Sekọndịrị - - 94

**ISI NKE IRINAITOOLU:** - - 98
Ụra Tọwa Ụtọ - - - - 98

**ISI NKE IRIABỤỌ:** - - - 104
Onye Nọbu N’azụ Oche - - 104

**Okwu Mmalite**

Ahụhụ karịa, aro dị iche iche apụta. Maka na onye ọbụla ihe na-eme o were nọsie ike n'ebe ọ nọ mata na ọ bụ ọnwụ ya ka ọ na-eche.

Mana onye ekwekwala ka nsogbu ụwa merie ya. Onyeọbụla nsogbu ụwa meriri bụ onye ejideghị obi ya aka, ma bụrụkwa onye na-amakụdosighị chi ya ike.

N'ezie, nwogbenye na-atabiga ahụhụ oke, ma na-anatakwa mkparị n'ụzọ dị njọ. Ihe arịrị nwogbenye na-agabiga nwere nke na-aka ibe ya. Mana o kwesịkwara ka nwogbenye ọbụla kuliri ọtọ mara ebe ọ na-eje.

Mana, nwogbenye ọbụla na-agba mbọ nke ọma, kwụwara aka ya ọtọ, chekwube na Chukwu kere ya ma makụdosikwaa chi ya ike, na-emeri ụwa. Ụwa ga-ekpupụrụ ya okpu ma werekwa ya mee ọnụ.

Onye ọbụla e megidere, na-enwe mwute n'ụzọ pụrụ iche. Ụdịrị mwute ahụ na-abụkwa mwute obi mgbọwa. Ọ na-abụ e mesie nwatakịrị ike, ọ na-ewute ya nke ukwu. Mana ihe kacha agba nwatakịrị mmee n'obi bụ mmegide onye o bu n'obi megidere ya.

Ụdịrị mmegide a anaghị ekwe nwatakịrị odidi. Maka na o kwesịrị ka onye ọ kpọrọ onye nke ya werekwa ya ka o siri werekwa onye ahụ. Okenye ọbụla ya na nwatakịrị bi matakwa na nwatakịrị ga-emechakwa bụrụ okenye.

Ndị Igbo sị na ọ na-abụ a kwụrụ ọtọ gwujie ji ọdụ, e tukwuru ala gwupụta ọdụ ya. Tupu mmadụ emee ihe, o kwesịkwara ka mmadụ jụọ ase. Maka na a jụghị ase were rie na-ebute a rịaghị arịa were nwụọ.

O kwesịghịkwa ka mmadụ were iwe ọkụ suo ụlọ ọkụ. Maka na ọ na-abụ a gbachaa egwu, ọ laa n'ukwu. N'ihi na ọ na-abụ e mebichaa n'izizi, n'ikpeazụ e were nwayọọ kwụwa ụgwọ.

Mana onye ọbụla Chukwu kere, maara ihe, kwesịrị ka ọ kpachapụ anya na ndụ ọ na-ebi ka ọ hapụ ịkwa amakwaara n'ikpeazụ. Ihe ọbụla ị na-eme, echiche ọbụla ị na-eche, chetakwa Chukwu

**Chinedum E. Ofomata**

## Isi Nke Mbu

## ỌPỤPỤ KA MMA

O nweghị nwaanyị mụtara nwa na-eji anya ọma were na-ezipụ nwa ya odibo. Ọ bụghịkwa nwaanyị niile na-ele nwatakịrị na-agbara ya odibo anya ọma. Ụwa dị abụọ. Otu bụ ụwa ahụhụ. Nke ọzọ bụ ụwa ọma. O nweghịkwanụ onye chọrọ ụwa ahụhụ. Onye ọbụla chọrọ ụwa ọma. Mana, onye ọbụla ụwa ahụhụ dakwasara na-arịo Chukwu ka O si n'ụwa ahụhụ pụta banye n'ụwa ọma.

Ịgbara mmadụ odibo o so n'ụwa ahụhụ ka o so n'ụwa ọma? Mana

matakwa na ahụhụ nwere nke ka ibe ya. Kama mmadụ ga-anọ ndụ were anya ya na-ahụ ọnwụ ya, ọ kaara onye ahụ mma na ọ gawara ịgba odibo maka na ibegiri ndụ ka ibegiri ọnwụ, mma.

Chinaza bụ nwatakịrị nwaanyị. Ọ dị afọ asaa mgbe nne ya na nna ya kpọpụrụ ya.



***Chinaza bụ nwatakịrị nwaanyị. Ọ dị afọ asaa mgbe nne ya na nna ya kpọpụrụ ya.***

***Ha kpọjere ya ebe ọ ga-agbara***

Ha kpọjere ya ebe ọ ga-agbara mmadụ odibo. Na be Chinaza ha, ha dị asatọ otu nne na nna mụtara. Ma nne, ma nna, o nweghị onye aka siri ike. Iri nri bụ okwu na ụka. A naghịzi ekwu okwu ịzụ ụmụ ha mụtara n’akwụkwọ. Nke ahụ bụzi okwu ụnyahụ. Maka na ọ bụ onye rijugodu afọ, o were kwuwe okwu ichere chi ya aka mgba. N’ihi na ọ bụ onye ji ibegiri ji n’aka na-asa ụganị okwu.

Chinaza amalitebeghị ịgụ akwụkwọ mgbe o si na be ha pụọ were gawa ịgba odibo. Ọ bụ ya bụ nwa nke ise. Ndị tọchara ya enwebeghị ebe ha kwụ ma ya fọdụzịkwaa ya. I si na be ha gawa be onye ọzọ wutere ya. Mana ịnọ na be ha were laa n'iyi kacha were dị ya njọ n'obi. Ọ bụ ya kpatara o jiri kweta na ọ kaara ya mma na ọ tara ahụhụ bụrụ mmadụ karịa ịnọ na be nne ya na nna ya mebie.

**AJỤJỤ:**

1. Gịnị kpatara ụmụnwaanyị anaghị achọ ka nwa ha gbaara nwaanyị ọzọ odibo? ______________________________

2. Ụwa ole ka e nwere dịka odee akwụkwọ a siri kọwaa? ____________

3. Afọ ole ka Chinaza dị mgbe nne na nna ya kpọpụrụ ya? ________________

4. Ụmụnne Chinaza ha dị ole otu nne na nna mụtara? __________________

5. Chinaza o bidola ịgụ akwụkwọ tupu o si na be ha pụọ gawa ịgba odibo? ____________________________

6. Kedụ ihe kpatara Chinaza jiri kweta i si na be ha pụọ gbba baa odibo? __________________________________

**IHE MMỤTA:**

Ọ bụ ihe dị mma na nwata na-eche ezigbo echiche ma sikwa na ya nwee ezi mkpebi nke ga-enyere ya aka na ndụ ya.

## Isi Nke Abụọ
## CHINAZA NA-ELETA ỤMỤAKA HA ANYA

Nne na nna Chinaza kpebikwara na ọ kaara ha mma ịkpọpụ Chinaza karịa i soro ha nọdụ na-ele ụwa anya. Ọ bụghịkwa naanị Chinaza. Ha kwetakwara na onye ọbụla bịara ka ọ kpọrọ nwa ha ọbụla, na ha ga-akpọnye onye ahụ onye nke ọ chọrọ ịkpọrọ. N'ihi na ihe ha agaghị emenwu, onye ọzọ meere ha ya, obi ga-adị ha mma. N'ezie, ịmụta ụmụaka na-esi n'aka Chukwu. Mana, marakwa na ịzụlite ha bụ ọrụ dịịrị ndị mụtara ha. N'ezie, ịzụlite ụmuaka na-agba ọsịsịo. N'ihi na ịzụ nwa adịghị mfe.

Onyedịka na Nnenna bụ di na nwunye. Ọ bụ ha kpọọrọ Chinaza. Di na nwunye a bi n'Okigwe. Ọ bụ ozigbo ha gbachara akwụkwọ ka ha kpọtara Chinaza. Chinaza na Nnenna

bụ otu obodo. Ọ bụ nne Nnenna chọtaara nwa ya nwaanyị na di ya, Chinaza. Ọ bụ ahịa ka Onyedịka na Nnenna na-azụ n'Okigwe. Onyedịka na-azụ ahịa akwụkwọ. Nnenna na-azụ ahịa akwa. Ha abụọ na-agbalị otu ha nwere ike n'ahịa ha na-azụ. Onye ọbụla n'ime ha abụọ na-agbasi mbọ ike n'ahịa ya. Maka na ọ bụ mbọ onye gbara na-akọwa ụdịrị mgbọ ga-adị ya n'akpa.

Onyedịka na Nnenna mụtara ụmụ anọ. Ọ bụ oge ha mụrụ nwa nke anọ ha, ka ha kwụsịrị ịmụta nwa. Aha nwa izizi ha bụ Chiamaka. Chiamaka bụ ada ha nwaanyị. Nwa ha nke abụọ bụ Chidaalụ. Chidaalụ bụ diọkpara ha. Ụmụ ha abụo ndị ọzọ bụ Somtoo na Kaosi. Ọ bụ Chinaza na Onyedịka na nwunye ya bụ Nnenna bi tutu ha were mụtachaa ụmụaka anọ ahụ. Ọ bụkwa Chinaza kuchara ha. Ụmụaka ahụ maara

Chinaza, Chinaza marakwa ha. Chinaza na-aka anọ ha nso karịa ndị mụtara ha. Ọ bụ Chinaza na-aghụ ha ahụ, na-enye ha nri ma na-eletakwa ha anya mgbe niile.

N'ihi ahịa ha, Onyedịka na Nnenna nwunye ya anaghị anọ n'ụlọ. Ụtụtụ, ha agbaa ụzọ pụọ. Anyasị, ha alọta. Nlọta ha na nrahụ ụra ha na-abụ otu. Maka na ọ na-abụ ha larute n'ụlọ ha, ezigbo ike na-agwụ ha. Ha ghụchaa ahụ, ụra eburu ha ozigbo. Ha lakpuo, nteta ha abụrụ n'ụtụtụ. Ozigbo ha tetakwara, ha akwadoo ma chọrọkwa ọdụahịa ha gawa. Ọ bụ Chinaza na-esi nri a na-eri n'ụlọ ahụ. Ọ bụkwa ya na-ahazi ụlọ ma na-achịzikwa ụmụaka Onyedịka na Nnenna mụtara.

**AJỤJỤ:**

1. N'uche nke gị, kedụ ihe bụ ihe ahụ nne na nna Chinaza maara na ha agaghị emere ụmụ ha?

______________

2. Kedụ nke ka were dị mkpa? Ị mụta nwa ka ọ bụ ịzụ ya?

________________

3. Gịnị bụ aha di na nwunye ahụ kpọọrọ Chinaza?

____________________

4. Kedụ ụdịrị ahịa di na nwunye ahụ ha na Chinaza bi, na-azụ?

______________

5. Ụmụ ole ka di na nwunye ha na Chinaza bi mụtara? Depụtakwa aha ụmụ ha ndị n'otu n'otu.

_____________

6. Gịnị kpatara Onyedịka na nwunye ya bụ Nnenna anaghị

anọ n’ụlọ otụtụ mgbe?

________________________________

**IHE MMỤTA:**

1. Nne na nna ọbụla kwesịrị ịmụta ụmụ ole ha ga-enyewu ọzụzụ nke ọma.

ii) Ndị nne na nna kwesịrị ịdị na-eleru maọbụ elebara ụmụ ha anya n’agbanyeghị ụdịrị ọrụaka ha na-arụ.

## Isi Nke Atọ
## CHINAZA DỊ NWAYỌỌ

Kemgbe Onyedịka na Nnenna kpọgotara Chinaza Okigwe, ha na ya biri, ha na ya anaghị enwe nsogbu ọbụla. Chinaza bụkwa nwatakịrị ya na mmad na-ebi. Chinaza bụ ezigbo nwatakịrị. Ọ na-eje ozi nke ọma. Ọ bụghịkwa nwatakịrị na-ekwu oke okwu. Ọ bụ nwatakịrị dị nwayọọ. Chinaza nọdụ n'ụlọ, a naghị ama na ọ nọ ya. Ihe e ji ama na ọ nọ ya bụ ozi dị iche iche ọ na-eje n'ụlọ ebe ahụ o bi.

E jighị ọtụtụ okwu mara Chinaza. Mana e ji ije ozi nke ọma na ileru anya ala mara Chinaza. Di na nwunye ha na ya bi maara nke a. Mana ọtụtụ mgbe, ọ na-ahịa ahụ tupu nwaanyị ya na odibo bi ekweta na odibo ha na ya bi na-agbalị karịa otu o nwere ike. Ụfọdụ n'ime ha tiwe

odibo ha ihe, ha anaghị ele anya n’azụ. Ha anaghịkwa ama na odibo ji anya abụọ were na-arahụ ụra ka ha. Ha na-eche na anya naabọ odibo nwere bụ naanị maka iji were na-ebe akwa.

Ha ziwe odibo ozi, ha eziwe ya ozi ka ha zigbuo ya. Ha anaghịzi echeta na ọ bụ otu ahụ ụmụ ha dị, ka odibo sikwa wee bụrụ nwa mmadụ. Ụfọdụ ụmụnwaanyị ndị ahụ a na-ekwu maka ha na-eme odibo ha na ya bi, o were ihu ya mere azụ ya, ma werekwa azụ ya mere ihu ya. Ọ na-abụ ha mechaa odibo ihe, odibo a na-akpọkwuzi akpọkwu. Ọ gaghịzi ama aka nri ya na aka ekpe ya. Mgbe niile, ụwa ọ nọ na ya a na-atụ ya ụjọ.

Mana ajọ omume ndị a ụmụnwaanyị ụfọdụ na-emeso odibo ha na ya bi, ọ na-atụ gị n’anya? Mba! Ya atụla gị

n’anya!! Maka na nnekwu anaghị eji anya ya ahụ uriom nnekwu ọzọ. Maka na a nwụrụ uriom ọzọ nwụjere nnekwu ọkụkọ ọzọ chị ụmụ, o were ọnụ tụgbuo ụrịom ahụ. Nke a na-akọwa na nnekwu ọkụkọ anaghị achọ ka ụrịọm na-abụghị nke ọ mụtara bịakwute ụmụuriom nke ya.

Mana, anyị bụ mmadụ. Anyị abụghị ọkụkọ. Mmadụ kwesịrị ịmata na ọ bụ

ihe



***u***

***any***

onye metara n’ụwa ka chi ya ji akwụ ya ụgwọ. Onye ọbụla na-emegbu nwa mmadụ matakwa na ọ gaghị akpọ ụmụ nke ya laa mmụo n’ihi na dibịa na-agwọ otoro, ike ya adịghị n’elu.

**AJỤJỤ:**

1. Gịnị bụ aha obodo Chinaza gara ịgba odibo?

____________________________________

2. Chinaza, ọ bụ ezigbo nwatakịrị ka ọ bụ ajọ nwatakịrị? __________________

3. Kedụ agwa ọma abụọ Chinaza na-akpa n'ụlọ Onyedịka na nwunye ya nke mere e ji sị na ọ bụ ezigbo nwatakịrị? ___________________________ __________________________________

4. N'uche nke gị, gịnị mere ọtụtụ ụmụnwaanyị ji emegbu ndị odibo ha? __________________________________

5. I megbu mmadụ, ọkachasị nwa odibo gị, o dị mma? _____________________

6. Kedụ onye kwuru okwu a: "Ihe onye metara n'ụwa ka chi ya ji akwụ ya ụgwọ".
a) Onyedịka b) Chinaza

ch) Odee

**IHE MMỤTA:**

i) Nwata ọbụla kwesịrị ị dị na-akpa ezigbo agwa n'ebe ọbụla ọ hụtara onwe ya.

ii) Imegbu mmadụ ibe gị adịghị mma. Onye na-eme nke a ga-anata ụgwọ ọrụ ya.

## Isi Nke Anọ
## IHE ANAGHỊ EMEBU EMEWELA

Chinaza na-aga akwụkwọ. Ụmụ Onyedịka na Nnenna na-agakwa akwụkwọ. Ụlọakwụkwọ ebe Chinaza na-aga dị iche n'ebe ụmụ Onyedịka na Nnenna na-aga akwụkwọ. Chinaza na-aga akwụkwọ n'ụlọakwụkwọ ndị gọmentị nwe. Mana ụmu Onyedịka na Nnenna na-aga akwụkwọ n'ụlọakwụkwọ ndịụka nwe.

Ụlọakwụkwọ ebe ahụ ụmụ ha na-aga akwụkwọ bụ ya kacha ụlọakwụkwọ niile e nwere n'Okigwe mma n'ịgụ akwụkwọ. Ọ bụghị naanị na ha na-agụsi akwụkwọ ike ebe ahụ, a na-akụzikwara ụmụaka na-agụ akwụkwọ ebe ahụ usoro obibi ndụ, ịkwanye ugwu na inwe nsọpụrụ n'ebe mmadụ ibe ha nọ na kwa otu kwesịrị ka e si were na-anọ n'ụwa. A gaghị eji ụlọakwụkwọ ahụ wee tụnyere ụlọakwụkwọ nke ndị

gọmentị nwe. N'ihi na o nwere ihe atụrụ jiri kara ewu n'ogologo.

Ka ụmụ Onyedịka na Nnenna na-etolite ka ihe anaghị emebu n'ezinaụlọ ha n'Okigwe malitere mewe. Nsogbu malitere batawa. Ebe nsogbu ndị ahụ si were na-abịa, o nweghị onye maranụ. Mana, chi na-efo, nsogbu a na-adapụta. O si ebe a taa, o si ebe ọzọ. Kedụ ụdịrị nsogbu dị ihe ahụ? Ihe malitere fuwe n'ụlọ ha. Ha kpọrọ Chinaza otu ụbọchị were jụọ ya ma ọ maara maka ihe ndị ahụ na-efu n'ụlọ ha. Chinaza ṅụọrọ ha iyi na ọ dịghị ihe ọbụla ọ maara maka ihe ndị ahụ na-efu. Onyedịka na nwunye ya dowe ihe, o fuo. Ihe kacha efu ihe ahụ bụ ego. Ụmụobere ego ha na-edowebu n'ụlọ ha malitere na-emi ala, na-adakpu. Ha dowekwanụ nnukwu ego, e si na ya mịrị obere ego.

Ka ego ha na-efu, ka ihe oriri ha na-enwe n’ụlọ na-eri mperi. E sichaa ofe, tupu chi na-efo, ọ gbaa ụka. Ọ bụghịkwa otu anụ na azụ e jiri sie ya ha, ka ọ na-aha ma ọ gbaa ụka. Ma ngwungwu azụ, ma ngwugwu ịsha, e nweghịzi nke ọbụla na-adị ka e siri dowe ha. Nke ọbụla n’ime ha a tọpere



***Chinaza nụọrọ na iyi na ọ dịghị ihe ọbụla ọ maara maka ihe ndị***

anaghịkwa ezucha oke otu e siri dowebu ya. Kedụkwanụ maka ihe ụtọ ụfọdụ ha nwere n'ụlọ ha? Ihe na-eme mbazụ na-emekwuazị mmaekwu. Maka na usekwu anaghị ada hapụ eluuko.

**AJỤJỤ:**

1. Kedụ ndị nwe ụlọakwụkwọ ebe ahụ Chinaza na-agụ akwụkwọ na ya?

   ________________________________

2. Ụlọakwụkwọ ụmụ Onyedịka na Nnenna na-aga, ọ dị iche na nke Chinaza na-aga?

   ________________

3. Kedụ ihe ụlọakwụkwọ ụmụ Onyedịka na-aga jiri bụrụ nke kacha ụlọakwụkwọ niile e nwere n'Okigwe mma n'ịgụ akwụkwọ? ____________

___________________________________

4. Kedụ ụdịrị nsogbu bidoro dapụtawa n’ezinaụlọ Onyedịka na Nnenna nwunye ya n’Okigwe? _____________

5. Gịnị kacha efu n’ezinaụlọ ahụ Chinaza na-agba odibo na ya?

______

___________________________________

**IHE MMỤTA:**

i) Ọ bụghị naanị ịgụ akwụkwọ ka ụmụakwụkwọ kwesịrị ịdị na-amụ maọbụ na-agụ n’ụlọakwụkwọ. E kwesịkwa ka a na-akụziri ha omume ọma na kwa usoro obibi ndụ.

## Isi Nke Ise
## CHINAZA ATỌLA

Ọ na-abụ ihe dị aṅaa mewe, echiche dị aṅaa abatawa n’uche. Maka na ihe a naghị emebu mewe, a malite chewe ụdịrị echiche a naghị echebu. N’ihi na ọ naghị adị mma ka ncha baa onye nọ na mmiri n’anya.

Onyedịka na Nnenna malitere siwe imi n’ala ka ha mara ebe ya bụ mmiri siri na-aba n’opi ụgbọgịrị. Ka ha na-agba mbọ ka ha chọpụta onye na-eme ihe ahụ n’ụlọ ha, ka uche ha na-agwa ha ma na-agwasi ha ike na

ọ ga-abụrịrị Chinaza. Ha malitere lewe Chinaza anya ọjọọ. Onye nke ọ kacha njọ n’isi bụ Nnenna.

Kwa mgbe, Nnenna a na-agwa Onyedịka na Chinaza amụtala agwa ọjọọ. Na ọ mụtala ihe ọ naghị emebu. Ebe anya ya niile dịzi ugbua bụ ebe Chinaza nọ. Ọ naghịzi ekwe ka Chinaza megharịa ahụ. O nweghịzi ihe Chinaza mere na-adị ya mma. Chinaza mee n’elu, okwu. Chinaza mee n’ala, okwu. Oge Chinaza chọpụtakwaranụ na okwute ko n’elu, were na-achọ otu ọ ga-esi dawaa ya, o were na-eze ya bụ okwute ma na-ezesi ya ike. Ihe Chinaza na-ahụzi ugbua n’ezinaụlọ Onyedịka na Nnenna gwụziri ya ike. N’ezie, Chinaza tọziri atọ. Maka na ihe niile ahụ na-eme n’ebe ahụ o bi, o enwghị nke ọ ma maka ya. O nweghịkwa nke aka ya dịna ya. Mana, nneyaukwu na nnayaukwu

achọghịkwa ịma na aka ya adịghị n'ihe ọjọọ niile ahụ selitere isi ha elu n'ezinaụlọ ha.

Onyedịka na Nnenna gụpụkwara ụmụ ha mụtara n'ajọ omume ahụ niile. Ha sị na ha maara ụdịrị ụmụ ha mụtara. Na ha onwe ha mụtara ha anaghịkwa akpa ụdịrị agwa ọjọọ ahụ. N'ihi ya, o nweghị otu ụmụ ha ga-esi were mewe ụdịrị nkịrịnka omume ahụ. Maka na ọ bụ otu onye dị, ka ihe ya ga-adị. Ihe onye nwere ka ọ na-enye. Mmadụ anaghị enye ihe o nweghị. Maka na agwọ anaghị amụ ihe mkpụmkpụ.



***Kwa mgbe, Nnenna a na-agwa Onyedika na Chinaza amutala agwa ọjọọ. Na ọ***

**AJỤJỤ:**

1. Gịnị mere Onyedịka na Nnenna nwụnye jiri siwe imi

n'ala dịka e siri dee ya n'ime akwụkwọ a?__________

________________________________

2. Kedụ ihe kpatara Onyedịka na Nwunye ya jiri lewe Chinaza anya ọjọọ?

___________________________

________________________________

3. Kedụ onye na-agwa Onyedịka na Chinaza amụtala agwa ọjọọ?

_______

4. Ọ bụ Chinaza na-akpa arụ ahụ na-eme n'ezinaụlọ Onyedịka?

_________

5. Ụmụ Onyedịka na Nnenna nwunye ya, ha so na ndị a na-ele anya ọjọọ maka ihe ndị ahụ na-eme n'ezinaụlọ ha.

____________________________

________________________________

**IHE MMỤTA:**

Ọ bụ ihe kwesịrị ekwesị ka e nyochaa nke ọma gbasara ihe ọbụla dapụtara tupu a mara onye a ga-ata ụta maọbụ taa ahụhụ.

## Isi Nke Isii
## NNENNA AHỤLA EBE O BIDORO AKA

Chinaza ebegbuola onwe ya n’akwa. Kwa mgbe, ya na anyammiri na-eme. Nnenna na-achọzi ka o were aka kụgbuo Chinaza. Ka ọ na-eti ya ihe, ka ọ na-akọ ya ọnụ na-akpọ ya onye ohi. Ọ naghịzi ekwe ka Chinaza megharịa ahụ n’ụlọ ha. O nweghịzi ihe Chinaza mere na-adị ya mma n’obi. Ma ụtụtụ, ma ehihie, ma abalị ma na ndeeri, ọ na-ele Chinaza anya ọjọọ. Anya ọ na-ahụzi Chinaza na-arụ ya afọ.

Mgbe niile, ọ bụrụ na aka ya anaghị ada kpim kpim n’ahụ Chinaza, o were ọnụ na-aghụ Chinaza ahụ. Ọ dịghị Onyedịka otu ahụ ọ dị Nnenna. Onyedịka bụ nwoke. Nwoke bụ

nwoke na-ata ihe, ọ ga-agba mbọ tarie ya nke ọma tupu o loo ya. N’ihi na ọkụkọ sị na ọ na-atụgbu atụgbu tupu o lowe. Onyedịka ji nwayọọ were na-enyo ya bụ ihe dị n’ọnụ ka o were mata ihe ọ bụ. Maka na onye chịrị ọsọ loo ihe ọ taghị ata, ọ gbado onye ahụ. N’ihi ya, o kwesịghị ka onye maara ụzọ fuo ụzọ. Onye maara ụzọ fuo ụzọ, ọ na-abụ ihe ihere n’ebe onye dị otu ahụ nọ.

Otu ụbọchị, ihe karịrị Chinaza si n’elu were chọọ ka ọ dagbuo ya. Nnenna chọrọ ka ọ kụgbuo ya ụbọchị ahụ. Ka Chinaza na-anwụghị ụbọchị ahụ, o nweghịzi ihe ga-eme ya na ndụ ya. Kedụ ka o siri mee? Nnenna si ahịa ya lọta na mgbede abalị. Ọ lọtara ka o sie ofe n’ihi na ofe ha nwere n’ụlọ ha agwụla. Ọ gwara Chinaza ka o wepụtachaara ya ihe niile ọ ga-eji sie ya bụ ofe.

Mana ihu Nnenna gbarụrụ ozigbo ọ chọpụtara na azụ o dowere n’ụlọ maka iji were na-esi nri, agbadala. Ọ bụghị otu azụ ahụ ha mgbe o dowere ya ka ọ hazikwa mgbe Chinaza wepụtara ya. Ọnwụ egbuola ka a rụrụ aka! Nnenna ahụla ihe ọ na-achọ. Nnenna enweela ebe o bidoro aka iji were mee Chinaza ihe bụ uche ya kemgbe. O wee oke olu were jụo Chinaza, “Chinaza, gịnị mere azụ a? Ị chọghị ịkwụsị agwa ọjọọ



gị a? Ahụla m na ihe a ị na-eme na-arịzi ọtọ kwa ụbọchị?” O were sị Chinaza, “Kama ị ga-emebiri m ezinaụlọ m, kama m buru ụzọ mebie gị. Aga m eborịrị gị apa n’ụlọ a.” Chinaza atọkịrịla! Nsogbu adịrịla ya. N’ihi na ọtụtụ ụmụnwaanyị anaghị enwe echiche naabọ. Ihe ọbụla echiche izizi ha gwara ha ka ha na-eme. Ha anaghị ege echiche nke abụọ ntị. Mana, n’ikpeazụ, ha kpachaa ike, ha aghọta na echiche nke abụo bara uru.

***Nnenna na-achọzi ka ọ were aka kugbuo Chinaza. Ka ọ na-eti ya ihe, ka ọ na-akọ ya ọnụ na-akpọ ya onye ohi.***

**AJỤJỤ:**

1. Onyedịka na nwunye ya bụ Nnenna, kedụ onye chọrọ iji aka tigbuo Chinaza maka ihe ndị ahụ na-efu efu na be ha?

____________________

2. Gịnị mere anyammiri ji eju Chinaza anya mgbe ọbụla?

____________________

3. Gịnị ka Onyedịka mere mgbe ihe ndị ahụ na-adịghị emebu bidoro mewe n'ezinaụlọ ya?

____________________

4. Kedụ ihe Nnenna gwara Chinaza ka o mee mgbe o si ahịa were lọta?

____________________

5. Kedụ ihe mere ihu Nnena jiri gbarụọ?

____________________

6. Kedụ onye a gwara okwu a: “Kama ị ga-emebiri m ezinaụlọ m, kama m buru ụzọ mebie gị” . ______________

**IHE MMỤTA:**

i) Ọ dịghị mma ịta nwatakịrị ahụhụ ihe o meghị.

ii) Ọ bụrụ na a chọọ ịta nwatakịrị ahụhụ maka ihe ọjọọ o mere, o kwesịrị ka e nye ya ntaramahụhụ ha abụọ ha, karịa igbu ya egbu n’ụdị ntaramahụhụ.

## Isi Nke Asaa
## AKA M DỊ ỌCHA

Ụdịrị ihe Nnenna tiri Chinaza n’abalị ụbochị ahụ, o nwebeghị nwatakịrị e

tiri ya n’ụwa a. N’ezie, ọ chọrọ igbu nwa ahụ egbu. O ji ma iwe ochie ma iwe ọhụrụ were chọọ ka o dulaa nwa mmadụ mmụọ. Ka Nnenna na-akụ Chinaza ihe ka ọ kụgbuo ya, Chinaza na-eti mkpu akwa na-agwa ya na aka ya dịkwa ọcha. Na o nweghịkwa ihe ọbụla o mere. Na ọ na-achọ igbu ya na nkịtị.

Oge ike iti Chinaza ihe gwụrụ Nnenna, o were si n’ụlọ ha kwapụ Chinaza ezi, kpọchie ụzọ. N’ezie, ụfọdụ ụmụnwaanyị dị we ọjọọ. Ụdịrị ụmụnwaanyị ndị dị otu a kacha aga ụka mana ha amaghị Chukwu. Ụka ha na-aga bụ ka ha gosi akwa ọhụrụ ha zụtara. Ihe ha ji abịa ụka bụ ka a hụ ha na ekike ha. Ọ bụghịkwa maka ịmata Chukwu kere ha. Okwuchukwu a na-ekwu n’ụlọụka abụghị maka ha. Akwa ha na ọgọdọ ha na-agbanwo kwa ụbọchị ụka ọbụla. Akwa ha yiri gaa ụka taa

abụghị nke ha ga-eyi n’ụka ọzọ. Mana omume ha anaghị agbanwo. Kwa ụbọchị, omume ọjọọ ha na-eme a na-atụ ime na-amụta nwa. Ụdịrị ụmụnwaanyị ndị a na-aga ụka ka a hụ ha, ọ bughịkwa ka ha nabata Chukwu.

Mgbe Nnenne na-eti Chinaza ihe ahụ niile ọ na-eti ya ka o tigbuo ya, ụmụ ya niile nọkwa na-ekiri ya. Ha na-ahụ ihe ọ nọ na-eme Chinaza. Naanị onye anọghị n’ụlọ n’abalị ahụ bụ Onyedịka. Onyedịka mechiri ahịa na mgbede ụbọchị ahụ wee chọrọ onye ji ya ụgwọ kemgbe na-achọghị ịkwụ ya ụgwọ ahụ o ji ya gawa na be ya. Ọ bụ ịgbata ụgwọ ahụ mere o jighị lọta ngwa ngwa.

Ka ọ lọtara n’abalị ahụ, Chinaza anọghịzikwa n’ụlọ ya. Ọ jụrụ nwunye ya ase ebe Chinaza gara, nwunye ya gwara ya na ọ bụ nchụpụ ka ọ

chụpụrụ ya. O nweghị ụdịrị ebubo Nnenna na-eboghị Chinaza n'abalị ahụ iji were mee ka di ya kweta na ihe o mere amaka. Mana Onyedịka mere ka nwunye ya mata na omume o mesoro




***Nnenna,***
***o were si n'ụlọ ha kwapụ***
***Chinaza ezi, kpọchie ụzọ***

Chinaza adịghị mma. Na o kwesịghị isi n'ụlọ chụpụ ya na-ebughị ụzọ chere ka ọ bata mara ihe bụ isiokwu. N'ezie, iwe ihe Nnenna mere Chinaza were Onyedịka nnukwu iwe. Ọ bakwaara nwunye ya nnukwu mba n'abalị ahụ.

Onyedịka pụtakwara n'ezi were chọgharịwa Chinaza ebe ọ nọ. O nweghị ebe ọ chọghị Chinaza, mana ọ hụghị ya. Nnukwu ụjọ bịara jide ya. Ụjọ jidere ya bụ na ọ maghị ma o nweela ihe mere nwa mmadụ ha na ya biwere kemgbe. Na ọ jọgburu onwe ya na ọ bụ maka na a tara azụ maọbụ na a taghị azụ ka mmiri ga-eji were baa Chinaza ntị. Ka ọ na-achọ Chinaza, ka iwe ya na-arị ọtọ n'ebe nwunye ya nọ. Ọ nọkwa na-ekwu na omume nwunye ya n'abalị ahụ egosila ka uche ya ha. Na o gosipụtala na o so n'ụmụnwaanyị ndị na-enweghị ihe ọzọ ha ma, na-

abụghị akwa ha ga-eyi n'ahụ na kwa ude ha ga-ete.

**AJỤJỤ:**

1. Kedụ ihe Chinaza na-eti ma na-agwa Nnenna mgbe ọ na-eti ya ihe ka o tigbuo? ____________________

2. Gịnị ka Nnenna mere Chinaza ka o tichara ya ihe? ______________

3. Mmadụ ịga ụka, ọ bụ ya bụ na onye ahụ maara Chukwu? ___________

4. Kedụ onye na-anọghị n'ụlọ mgbe Nnenna na-eti Chinaza ihe? ______

5. Kedụ ebe Onyedịka gawara mgbe o mechiri ahịa na mgbede ụbọchị ahụ?

   ___________________________

6. Chinaza ọ nọ n’ụlọ mgbe Onyedịka batara ne be ya?

   _______________

7. Gịnị mere ụjọ jiri jide Onyedịka n’abalị ahụ?

   __________________

**IHE MMỤTA:**

i. Ọ dịghị mma imefe ihe oke.

ii Imegbu mmadụ ibe gị adịghị mma chaa chaa.

## Isi Nke Asatọ

### MỤ NA HA AGAGHỊ EBI

N'ezie, onye ekotaghị, ọgọdọ ya ekotara ya. Onyedịka arahụghị ụra n'abalị ahụ n'ihi Chinaza. O kweghịkwa ka nwunye ya rahụ ụra n'ihi na o ji mba wee ghụọ ya ahụ n'abalị ahụ.

Ka chi foro, ọ gaghị ahịa. O kweghịkwa ka nwunye ya gaa ahịa tutu na ha amara ebe Chinaza nọ. A

kwụrụ ọtọ gwujie ji ọdụ, e tukwuru ala gwupụta ọdụ ya. Ugbua, ka Nnena ghọtawara na o mefere ihe oke n'abalị ahụ. Maka na ihe anya hụrụ ama ya anaghị agba.

Mgbe Onyedịka na Nnenna nọzi na-eche ihe ha ga-eme iji were mata ebe Chinaza nọ, ka otu nwoke onye obodo ha chọọrọ ha were bịa na be ha. Ihu adịghị nwoke ahụ mma. Ọ bụhgịkwa ụdịrị ihu o jibu achọta Onyedịka na nwunye ya bụ Nnenna ka o jiri chọta ha na nke a. Aha nwoke ahụ bụ Azụama.

Ọ bụ na be Azụama ka Chinaza gbagara ọsọ ọnwụ n'abalị ahụ. Mgbe Chinaza gbabatara na be ya n'Okigwe ahụ, ya na nwunye ya nọ ya. Ha maara Chinaza nke ọma. Ha na Chinaza bụkwa otu obodo. Otu Chinaza dị were gbabata na be ha gbara ha anyammiri. Akwa o yi

n’ahụ, ndọka, ndọka. Ahụ ya niile mmee, mmee. Ha niile bụ ihe nwaanyị na-atụ ime, na-amụta nwa, mere nwa onye ọzọ mụtara. Anyammiri juru Chinaza anya. Ike ibe akwa agwụla ya. Olu agụọla ya n’ebe ọ na-ebe akwa.

Iwe chọrọ ịgbọwa Azụama na nwunye ya obi n’abalị ahụ. Nwunye Azụama kwadoro ozigbo ka ọ ga were aka dọrie Nnenna n’abalị ahụ. Mana di ya ekweghị ya ka ọ pụọ. Nwunye Azụama mere elu, mee ala ka ọ ga hụ Nnenna n’abalị ahụ, mana di ya jụrụ ma jụwaa isi. N’ihi na adịghị mmadụ abụọ were na-ayị ara. Ihe ha mere bụ na ha kpọọrọ Chinaza gaa na nke onye na-ere ọgwụ, o mechichaa Chinaza ọgwụ n’ahụ



***Onyedịka arahụghị ụra n'abalị ahụ n'ihi Chinaza. O kweghịkwa ka nwunye ya rahụ ụra n'ihi na o ji mba wee ghụọ ya ahụ n'abalị ahụ.***

Nnenna merụchara ya. Mgbe Azụama na-akwado ka ọ chọrọ Onyedịka na nwunye ya gawa na be ha iji were mata ihe kpatara Nnenna jiri chọọ igbu ọchụ, ọ gwara Chinaza ka o soro ya gawa. Chinaza jụrụ, ma jụwapụ isi. O ji anyammiri wee sị Azụama, "E burugodu m n'ozu wee ruo na be Onyedịka na nwunye ya, aga m e si n'ọnwụ ahụ bilite, ma sikwa na be ha gbapụ. Mụ na ha agaghịzikwa ebi ọzọ. O nweghị ihe ga-eme n'ụwa a ka mụ na ha birikwa ọzọ n'ihi na nnemukwu ga-egbu m, mụ nwụọ pịị ghọrọ ozu."

Ka o kwuchara ihe a, Azụama were hapụ ya, gawa naanị ya. Ọ chọghịkwa ka nwunye ya soro ya gaa. Maka na nwunye ya were otu o siri dị ya n'obi soro ya ruo na be Onyedịka, nsogbu ga-adị. Ya na Nnenna nwunye Onyedịka ga-akwụrụ ọtọ gụrụ ji a hụnyere n'ọkụ.

**AJỤJỤ:**

1. Gịnị mere Onyedịka na nwunye ya egaghị gaa ahịa? ________________

2. Kedụ aha nwoke ahụ chọtara Onyedịka na nwunye ya n'ụlọ ha? ________________ ______________

3. Kedụ ebe Chinaza gbagara ọsọ ndụ ka Nnenna tichara ya ihe ma chụpụkwa ya n'ụlọ? ______________

4. Kedụ ebe nwunye Azụama chọrọ iji iwe gaa n'abalị ahụ mgbe Chinaza gbabatara na be ha?_______________

5. Gịnị ka Azụama na nwunye ya meere Chinaza mgbe ha hụrụ otu ọ dị wee gbabata na be ha?

______________

__________________________________

6. N'uche gị, gịnị kpatara Azụama ejighị chọọ ka nwunye ya soro ya gaa na be Onyedịka?

__________________

__________________________________

**IHE MMỤTA:**

i) Ọ na-adị mma ka mmadụ gbapụ ọsọ ndụ ya mgbe ihe karịrị onye ahụ bịakwutere ya.

ii) Omegbu nwogbenye chetakwa maka echi.

## Isi Nke Itoolu
## KPỌỌLA M BE ANYỊ

Oge Azụama batara na be Onyedịka, ọ bakwara ezigbo mba n'ụlọ ha n'ihi agwa ọjọọ Nnenna kpasoro nwa ha na ya bi kemgbe ha abụọ lụrụ di na nwunye. Ọ sịrị ha ma ọ bụ ugbua Chinaza kuchaara ha ụmụ anọ ha mụtara ka ha jizi were mata na ọ na-atacha azụ e ji esi ihe n'ụlọ. Mgbe izizi ha kpọtara ya, ọ bụghị onye ohi. Mana ugbua, Chinaza abụrụla onye

ohi, ajọ nwatakịrị, nwatakịrị dị mma nkụgbu.

Onyedịka rịọrọ Azụama nnukwu arịrịọ ka o wetuo obi ya n’ihi na ọ bụ maka na okenye anọghị n’ụlọ kpatara ewu jiri mụọ nwa n’ọgbịrị. Mgbe Azụama gwara Onyedịka na ọ bụ na be ya ka Chinaza gbabatara ọsọ ndụ, Onyedịka sekpuru ala were nye Chineke otito n’ụzọ pụrụ iche. Nke a mere ya ka o sigodu n’otu akụkụ kulata ume.

O sooro Azụama ozigbo were gawa na be ya ka ọ ga hụ Chinaza. Ozigbo Onyedịka batara na be Azụama, nwunye Azụama chọrọ ịmakwasa ya ọgụ. Mana Azụama ekweghị ka nke ahụ mee. Azụama mere ka nwunye ya mata na Onyedịka anọghị ya mgbe nwunye ya kpara agwa ọjọọ ahụ. Mgbe Onyedịka hụrụ Chinaza ma hụkwuo ihe nwunye ya mere

nwa ha na ya bi kemgbe, anyammiri gbara ya. Ọ rịọrọ Chinaza ka ọ gbaghara nwunye ya ma gbagharakwa ezinaụlọ ya n'ihi na ihe nwunye ya mere ya dị njọ ma n'ihu mmadụ ma n'ihu Chukwu.

Ka Onyedịka na-arịọ Chinaza, ka Chinaza nọ na-ebe akwa na-asị ya, "Nna Chiamaka, ọ bụrụ na o nwere ụzọ mụ siri mejọọ gị na nwunye gị, na ụmụ unu, biko gbagharanụ m. Mana ọ bụrụ na o nweghị ihe ọbụla mụ mere, nne Chiamaka were nwee obi mee m ihe a o mere m, Chukwu lụọrọ m ọgụ. Biko, kpọlaa m be anyị. M na unu ebichaala. Achọrọ m ịlakwuru ndị be anyị."

Oge Onyedịka hụrụ na obi Chinaza esila n'Okigwe pụọ, na obi ya dịzi na be ha, o were si na be Azụama ahụ kpọlaa Chinaza

***Oae***




***na kpas***

na be ha. Maka na o kwesịghị ka ihe mmadụ na-amaghị taa isi ya. N'ihi na ọ bụ e mee ngwa ngwa e meghara ọdachi.

**AJỤJỤ:**

1. Gịnị ka Azụama mere mgbe ọ batara na be Onyedịka?

   ____________________

2. Kedụ ihe Onyedịka mere ijiri mee ka Azụama wetuo obi ya?
   a) O nyere ya ezigbo nri
   b) O tiri nwunye ya bụ Nnenna ihe
   ch) Ọ rịọrọ Azụama nnukwu arịrịọ mgbagghara

3. Mgbe Azụama gwara Onyedịka na Chinaza nọ na be ya, gịnị bụ ihe abụo Onyedịka mere?

   ____________________

   ______________________________________

4. Kedụ ihe nwunye Azụama chọrọ ime mgbe ọ hurụ Onyedịka n'ụlọ ha?

______________________________

______________________________

5. Kedụ ihe kpatara anya mmiri jiri gbaa Onyedịka? - __________________

6. Olee ihe Chinaza gwara Nnayaukwu bụ Onyedịka ka o meere ya?

______________________________

**IHE MMỤTA:**

i) Ịrịọ arịrịọ mgbaghara na-eme ka iwe laghachi azụ ma mekwaa ka obi onye e mejọrọ dajụọ.

ii) Ibo mmadụ ebubo adịghị mma

## Isi Nke Iri

## NKỤ ONYE KPARA N’ỌKỌCHỊ

Azụama na nwunye ya ebiteela aka n’Okigwe. O bụ ebe ahụ ka Azụama nọ were too okorobịa. Ọ bụkwa n'Okigwe’ ka nwunye Azụama nọ were too agbọghọbịa. Ọ bụ n’Okigwe ka ha abụọ nọ were lụọ di na nwunye. Ha nọkwa n’Okigwe were mụchaa ụmụ ha niile. Ha mụtara ụmụaka isii. Ụmụnwoke abụọ na ụmụnwaanyị anọ. N’Okigwe ka ha nọkwa were zụchaa ụmụ isii ha ahụ.

Ụmụnwoke abụọ ahụ ha mụtara alụchaala nwaanyị. Ha na ezinaụlọ ha nọcha n'ala bekee. Ụmụ ha ndị nke nwanyị alụchaala di. Ha niile bicha ne be di ha. Ụmụ ha isii ahụ mụtachara ụmụaka nke ha. Ọ bụzi naanị Azụama na nwunye ya bizi n'Okigwe. Ọ bụkwa n'ọmarịcha ụlọ ha rụrụ n'Okigwe ka ha bi. Chikwu gọziri ha nke ọma n'ọmarịcha mbọ ha gbara na ndụ ha n'Okigwe. Ọtụtụ ndị maara ha na-eṅomi ndụ ha. Maka na ọ bụ ihe ọma ka a na-eṅomi eṅomi. A naghị eṅomi ihe ọjọọ eṅomi.

O nweghịkwa ihe Azụama na nwunye ya na-arụzi ugbua. Ha na-ezuzi ike ọrụ ndị nke ha rụrụla arụ na ndụ ha. Ọ bụ eziokwu na ha anaghịzi arụ ọrụ mana, agụụ anaghịkwa agụ ha. Maka na ọ bụ nkụ onye kpara n'ọkọchị ka ọ na-

anya n'udummiri. Ha na-erizi ihe ndị ha kpataburu na mbụ. Ha agaghịkwa ericha akụ ha kpatara. Ụmụ ha mụtara na-enyekwa ha ihe ọbụla ha chọrọ. Ụmụ ha na-eleru nna ha na nne ha anya nke ọma. Ha ejighị ha egwuri egwu.

Ụmụ ha isii ahụ, ọ kachazị ndị nke ụmụnwaanyị, na-esi be di ha na-abịa eleta nne ha nna ha kwa mgbe ọbụla. Ọ bụghị onye nke jere nọnyere ha n'ọnwa a ga-abụ onye nke ga-eje nọnyere ha n'ọnwa na-abịa. Ha kere ọrụ ileta nne ha nna ha eke. Ndị nke nọkwanụ n'ala bekee na-ajụkwa ase otu kwesịrịnụ ma na-ewedatakwara ndị nke nọ na Naịjirịa ihe e ji eme mmọnwụ. Maka na ọ bụrụ na nwaanyị adịghị mma ọlụlụ, ọ dị mma ime enyi.

Ọ bụ eziokwu na ha na ezinaụlọ ha anọghị nso. Mana ego ha na-

ezidatara nna ha na nne ha na-ezu iji were na-eleta ha anya. Ihe ịtụta aro dapụta, ha na-esikwa ebe ahụ ha nọ were na-atụta ezigbo aro. Ụmụ Azụama esoghị n'ụmụaka ndị na-abụ ha si na be ha pụọ ụzọije, ha ejewara, jemie ma jefuo. N'ezie, ha nọtechara ezigbo aka n'ebe ha nọ, mana anya ha na-erucha n'ebe ha siri malite njem.

**AJỤJỤ:**

1. Kedụ ebe Azụama nọ were too okorobịa?

_______________________

2. Ụmụaka ole ka Azụama na nwunye ya mụtara?

_______________________

3. Ebee ka ụmụnwoke abụọ ndị ahụ Azụama na nwunye ya mụtara bicha?

_______________________

4. Kedụ ihe kwesịrị ka a na-eṅomi eṅomi?

a) Agwa ọma b) Agwa ọjọọ

ch) Ichọ mma

5. Mezuo ahịrịokwu a dịka onye dere akwụkwọ a siri dee ya: "Maka na ọ bụ nkụ onye kpara n'ọkọchị? _______

________________________________

6. Kedụ ihe ụmụ Azụama na-eme iji wee na-eleta nne na naa ha anya?

________________________________

**IHE MMỤTA:**

i) Nne na nna zụchaa ụmụ ha nke ọma, o kwesịrị ka ụmụ ha zụkwaa ha ma letakwa ha anya nke ọma mgbe ha kara nka.

ii) Ndụ ọma, agwa ọma na omume ọma kwesịrị nṅomi.

## Isi Nke Irinaotu
## Ọ GA-EKWETAKWA

Kemgbe ka Azụama na nwunye ya na-achọ nwata nwaanyị ha na ya ga-ebi. Ụdịrị nwatakịrị nwaanyị ha na-achọ bụ nwatakịrị nwaanyị torola eto ma marakwa ihe. Ha achoghị onye ka bụ ezigbo nwatakịrị. Ha chọrọ onye ga na-ejere ha ozi ụfọdụ ha agaghị ejenwu. Onye ọ ga-abụ e zie ya ozi, o jechaa ọ bata. Ọ bụghị ụdịrị nwata ọ ga-abụ e zipụ ya ozi, ọ jechaa, ọ tọ n'ụzọ. Ha achọghị ụdịrị

nwatakịrị ọ ga-abụ ọ na-ejere ha ozi, ha ana-ejekwara ya ozi.

Ụmụaka niile a na-achọtara ha, o nweghị nke obi ha nabatara na ha na ya ga-ebi. Ha chọrọ onye ọ ga-abụ ha na ya biri, obi eruo ha ala. Maka na ụdịrị ndụ ha nọzi ugbua abughịzi ndụ mkpọtụ na aghara. Ndụ ha nọzi na ya ugbua bụzi ndụ jụrụ oyi na ndụ ezumike. Na mgbe ọbụla ha nwetara onye bụ obi ha, ha na ya ebiri.

Azụama na nwunye ya mechara kpebie na ha ga-eje kpọrọ Chinaza. Ha maara Chinaza. Chinaza makwaara ha. Ha na Chinaza bụkwa otu obodo. Mgbe Chinaza na ezinaụlọ Onyedịka bi n'Okigwe, ha maara ya ma marakwa omume ọma ya na ezinaụlọ Onyedịka jiri biri. Ha na-ahụta Chinaza mgbe ahụ dị ka

ezigbo nwata ma bụrụkwa nwatakịrị nwaanyị maara ihe.

Kemgbe ahụ Onyedịka kpọlara Chinaza na be nna ya, obi ha dị ebe ọ nọ. Ha kwuru na ọ bụrụgodu eziokwu na Chinaza mere ihe ahụ a sị na o mere nneyaukwu jiri chọọ igbu ya na ha kpọta ya, ha kwụsị ya omume ahụ. N'ihi na a na-azụ nwatakịrị azụ. Mana, ha sịrị na ha maara na nke mgbe Onyedịka lụrụ nwaanyị, ha na Chinaza bi, na ha anụbeghị akụkọ ọjọọ n'ebe nwata ahụ nọ. Kedụzi ka o siri bụrụ ugbua ụmụ ha tolitecharala ka o jiri bụrụzịa onye ohi. Na ha ekwetabeghị n'echiche Onyedịka na nwunye ya. Maka na a naghị amụ aka ekpe na nka.

Ndị Igbo sịrị na onye a na-agbara ama ọ na-egori, onye a na-ebo ebubo o kwetala? Ọ bụ eziokwu na

di na nwunye ahụ na-atụ aro otu ha ga-esi kpọta Chinaza. Mana ha amabeghị ma Chinaza ọ ga-ekwetakwa. Ọ bụrụgodu na o kweta na ha na ya ga-ebi, ma ọ ga-ekwetakwa ịbịaghachikwa n'Okigwe. N'ezie, a naghị anọ n'ezi amata ihe dị n'imeụlọ. Ọ bụ a banye n'imeụlọ e wee mara ihe dị n'ime ya. Maka na ọ bụ diochi rịgoo n'elu nkwụ, o were nwee ike mara ihe nkwụ ya gbatara.

**AJỤJỤ:**

1. Kedụ ụdịrị nwatakịrị Azụama na nwunye ya na-achọ ka ha na ya biri?

   ________________________________

2. Ọ bụ kwata nwoke ka ọ bụ nwatanwaanyị ka Azụama na nwunye na-achọ ịkpọta? ____________

   ____________________________________

3. Kedụ ihe kpatara Azụama na nwunye ya jiri chọọ ije kpọta Chinaza ka ha na ya biri? ___________
___________________________________

4. Kedụ ihe Azụama na nwunye ya kwekọrịtara n'ime obi ha na ha ga-emere Chinaza ma ọ bụrụ na ha achọpụta na ọ na-ezu ohi na nke Onyedịka? ________________________
___________________________________

**IHE MMỤTA:**

Nwatakịrị ọbụla na-akpa ezigbo agwa jisie ike n'ihi na anya na-ele ụwa na anya ndị ụwa na-ele ya anya ọma.

## Isi Nke Irinaabụọ
## O NWEGHỊ IHE OKIGWE MERE M

Mgbe nwokorobịa ji amata ma nwagbọghọbịa ọ ga-ekwetakwa ka ọ lụọ ya, maọbụ na ọ gaghị ekweta, bụ mgbe ọ gwara nwagbọghọbịa ahụ ihe bụ uche ya. Azụama na nwunye ya chọọrọ Chinaza gawa na be nna ya. Maka na ọ bụ a hụ okwu, a hụ ọsịsa ya. Ọ bụ otu okwu si were dị ka a ga-esi were kwuo ya. N'ihi na otu ọ masịrị ihu nwamkpi ya dị, a ga-akpụpụrịrị ya n'ahịa.

Chinaza nọ na be nne ya na nna ya n'obodo ha. Kemgbe ahụ o si Okigwe lọta na be ha, ọ nọkwuuru ndị be ha. Ọ kwụsịkwara ịgụ akwụkwọ n'ihi na o nweghị onye na-azụ ya. Naanị ọrụugbo ka o sozi ndị be ha were na-eje. Mana ahụ jụrụ ya oyi karịa na

be Onyedịka ọ nọbụ. N’ihi na ibegiri ndụ ka ibegiri ọnwụ, mma.

Mgbe Chinaza na ndị be ha hụrụ Azụama na nwunye ya na be ha, ha nwere nnukwu ọnụ. Ha kelere di na nwunye ahụ nke ọma.



***Chinaza nọ na be nne ya na nna ya n'obodo ha. Kemgbe ahụ o si Okigwe lọta na be ha, ọ nọkwuuru ndị be ha.***

Ha chọkwaara ha ọjị. Azụama na nwunye ya nyekwara ha iheahịa ha zụtaara ha. N'egbughị oge ọbụla, Azụama na nwunye ya malitere kọwa n'ubi onye ha bịara. Ha gwara Chinaza na ndị be ha na ọ bụ Chinaza ka ha bịara ịkpọrọ ka ha na ya biri.

Chinaza kwetara n'ihe Azụama na nwunye ya ji maka ya bịa. Mana ndị be Chinaza ha ekwetaghịkwa na ọkpa Chinaza ga-atụ n'Okigwe ọzọ. Mana Chinaza siri ọnwụ na ọ ga-eso Azụama na nwunye ya. Ọ sịrị ndị be ha na obi ya nabatara ka ya na Azụama na nwunye ya biri. Mana, ndị be Chinaza ha ekwenyeghịrị Chinaza chaachaa. Chinaza n'onwe ya ekwenyeghịkwara ndị be ha maọlị. Ha jụ, Chinaza ajụ.

Mana, mgbe ha jiri kwadozie Chinaza ka o sorozịa Azụama na

nwunye ya biri bụ mgbe Chinaza sịrị ha, “Unu enyezila onwe unu nsogbu. O nweghị ihe Okigwe mere m. Ndị mere m ihe bụ Onyedịka na ezinaụlọ ya. Okigwe dị m mma ma dịkwa mma obibi. Ọ bụ obodo mụ hụrụ n’anya. Ihe ọbụla gbasara Okigwe na-atọ m ụtọ. Obi m nabatakwara Azụama na nwunye ya. Achọrọ m ka ha kpọrọ m. Ọ bụrụkwanụ na ha megbuwe m, m lọtakwa na be nna m.”

Ozigbo Chinaza kwuchara okwu a, obi onye ọbụla nọ na be ha were dee ka edeụrị ma gbanwoo ozigbo. Chinaza kwadoo ozigbo, sorozịa Azụama na nwunye ya lawa Okigwe.

**AJỤJỤ:**

1. Onye ka Azụama na nwunye ya chọọrọ gawa n’obodo ha? __________

2. Ebee ka Chinaza nọ kemgbe ahụ o si na be Onyedịka pụọ?

______________

3. Kedụ ihe mere Chinaza jiri kwụsị ịgụ akwụkwọ mgbe ọ lọghachitere na be ha?

______________________________

__________________________________

4. Kedụ ụdịrị ọrụ Chinaza na-arụ na be ha?

______________________________

__________________________________

5. Chinaza o kwetara na ihe Azụama na nwunye ya kwuru?

________________

6. N'uche gị, gịnị kpatara ndị be Chinaza ejighị kweta na ọkpa Chinaza ga-atụ n'Okigwe ọzọ?

__________________________________

__________________________________

**IHE MMỤTA:**

i) Nwata ọbụla nwere agwa ọma na-enweta ihu ọma.

ii) Onye hụ ihe dị mma nke ga-abara ya uru, ya gbaa mba webata ya n'ụlọ ya.

## Isi Nke Irinaatọ
## AKA CHINAZA DỊKWA ỌCHA

Kemgbe Chinaza si na be Onyedịka laa na be ha n'obodo ha, ihe na-

ebebu n’ezinaụlọ Onyedịka e jiri chọọ iji aka kụgbuo Chinaza ka na-ebekwa. Ihe ndị ahụ na-efu n’ụlọ ha akwụsighịkwa ifu. Ịtacha azụ na anụ e ji esi nri akwụsịghịkwa. Ofe ịgba ụka bụzi kwa ụka kwa kọbọ. Ụmụ omume ndị ọzọ ruru inyi malitere na-eselita isi ha elu kwa mgbe, kwa mgbe. Kwa mgbe ka mmiri na-aba ego Onyedịka na nwunye ya dowere, na ntị. Ha dowechaa ego, e mechaa ha wepụta ya ma gụọ ya, ọ gaghịzikwa ezu oke. Ha tọgbọkwanụ ụmụ obere ego, ha achọwa ha achọ. Ihe ndị a niile meweziri karịa otu o sibu eme mgbe Chinaza nọ ya. Mana, ugbua, ihe ndị ahụ niile na-emezi n’azụ Chinaza.

Nnenna mechara kpọọ di ya bụ Onyedịka were sị ya, “Nnamukwu, ihe ndị a na-eme n’ụlọ anyị akarịala. O kwesịkwara ka anyị malite ugbua siwe imi n’ala ijiri mata ebe ihe na-

eme anyị si. O doola anya ugbua na ọ bughị Chinaza. Aka Chinaza dị ọcha. N’ezie, aka nwatakịrị ahụ dị ọcha. Mụ were chọọ ka mụ kụgbuo nwa mmadụ na-enweghị ihe o mere. Ọ bụrụ na anyị gbachikwa nkịtị, ncha abaa anyị anya. Agwọ nọkwa n’akịrịka. Nsogbu dịkwa n’ụlọ anyị ugbua. Ihe a na-emenụ abụghịkwa ihe anyị ga-agbachi nkịtị. Ọ kakwa mma ka anyị kwọọ ya bụ mmiri ka ọ ka dị n’oboọkpa. Maka na ọ bụrụ na anyị gbachi nkịtị, ya bụ mmiri too, o riwe mmadụ.” Oge Nnenna na-ekwu ihe ndị ahụ, Onyedịka nọ na-ekwe n’isi

Ka Nnenna kwuchara ihe ndị ahụ, Onyedịka were sị ya, “Nnenne, obi tọrọ m ụtọ na ọ bụ n’ọnụ gị ka ihe ndị a niile si were na-apụta. Ị hụla ya ugbua. Ị hụla ihe kpatara e ji ekwu ka ọtụtụ n’ime unu bụ ụmụnwaanyị na-atụgbu atụgbu tụpụ

unu eloo. Tupu mmadụ emee ihe, ọ jụo ase. Omume i mesoro Chinaza jọgburu onwe ya. Chinaza taara anyị ahụhụ. O fere anyị ezigbo ofufe. Ọ rụọrọ anyị nnukwu ọrụ na be anyị. Mana ihe i jiri kelee Chinaza n'ihe ọma niile o meere anyị bụ igbu ya ka ọ nwụọ. Rịọkwaa Chukwu mgbaghara n'isi Chinaza n'ihi na i mejọrọ Chinaza ma mejọkwaa Chineke kere ya. Ọtụtụ ụmụnwaanyị na-eme ka nsogbu koo afọ n'ezinaụlọ. Ndị di ha na-akọwara ha ka ha mata nke bụ eziokwu, ha anaghị aghọta. Ha anaghịkwa ekweta n'ihe dị ha na-agwa ha. Mgbe ha ga-eji ghọta ihe di ha na-agwa ha bụ mgbe oge gafechara. Mana, ọnọdụ dị otu a jọgburu onwe ya na njọ. Tupu nwaanyị lụrụ di emee ihe na be di ya, o kwesịkwara ka ọ kọtara di ya ka ichi ghara ịba n'ọdụanya. Anụla m ihe i kwuru. Ọ bụ m na gị ka ọ dịịrị ịmata ihe a ga-

eme maka na ọ bụ a nyụkọọ amịrị ọnụ, ọ gbọọ ụfụfụ.”

Ugbua, okwu ewerela aka ya pụtawa ihe maka na ehi ọbụla enweghị ọdụ, ọ bụ chi ya na-achụrụ ya ijiji. Ihe Nnenna na di ya bụ Onyedịka chọziri ime ugbua bụ ihe ha kwesịrị ime na mbụnambụ. Mana obi ọkụ



***Aka Chinaza dị ọcha. N’ezie, aka nwatakịrị ahụ dị ọcha. Mụ were chọọ ka mụ kụgbuo nwa mmadụ na-enweghị ihe o mere.***

na obi ọjọọ ekweghị Nnenna mata na ọ na-abụ a gụchaa otu a gụwa abụọ. Maka na onye ọbụla hapụrụ ihe o kwesịrị ime n'izizi were malite na nke ikpeazụ ga-alaghachirịrị na nke izizi. N'ihi na a naghịahapụ isiaka were gbawa ụrịọm.

**AJỤJỤ:**

1. Kemgbe Chinaza si na be Onyedịka na nwunye ya were laa na be nna ya, ihe ndị ahụ na-efubu na be Onyedịka na nwunye ya, ha ka na-efu? ________
   ______________ _________________________

2. “Aka m dị ọcha.” Kedụ onye kwuru okwu a?
a) Azụama b) Onyedịka
ch) Nnenna

3. Kedụ ihe Nnenna gwara di ya bụ Onyedịka ka ha mee mgbe ha chọpụtara na ihe na-eme na be ha ka na-eme?
___________________________
____________________________________

4. Gịnị ka Onyedịka gwara nwunye ya ka ha mee n’ebe Chinaza nọ?
____________________________________

5. Kọwaa ihe ị ghọtara n’ilu a:
“Anaghị ahapụ isiaka were gbawa ụrịọm,”___________________________
_

**IHE MMỤTA:**

i) O kwesịrị ka a jụọ ase nke ọma ma mee nyocha zuru oke tupu o mee ihe ọbụla.

ii) Ndị nne na nna kwesịrị ịdị na-atụkọta aro ọnụ nke ọma tupu ha emee ihe ọbụla n'ezinaụlọ.

## Isi Nke Irinaanọ
## IHE ZORO EZO ESEELA ELU

"Kedụ ihe kpatara unu ji enye ụmụ unu ego karịrị ha ma ha na-abịa akwụkwọ. Ọ bụ unu kacha ndị nne na nna ụmụaka a na-agụ akwụkwọ n'ụlọakwụkwọ anyị were jide ego. Ego ụmụ unu na-eji abịa akwụkwọ

na-adị nnukwu. Ọ bụghị ihe kwesịrị kwesị. A makwara iwu na nwataakwụkwọ ọbụla n'ụlọakwụkwọ a ekwesịghị ka o were ego ọbụla na-abịa akwụkwọ." Mana ihe ụmụ unu na-arụ n'ụlọakwụkwọ a bụ iri ihe na ịzụta ihe a na-eri eri, nke a na-ata ata ma nke a na-amị amị. Ụmụ unu, ndị ihe a na-ekwu kacha n'isi bụ ada unu nwaanyị, Chiamaka na diọkpara unu, Chidaalụ. Kwụsịnụ ihe ahụ gị na di gị na-eme n'ihi na ọ bụ nzụgbu ka unu na-azụgbu ha. Ụdịrị omume ahụ anaghịzi ewu. Okwu a baa onyeisi ụlọakwụkwọ anyị ntị, ọ chụlaa ha n'ihi na ha na-emebiri anyị ụmụakwụkwọ ndị ọzọ."

Ọ bụ onyenkuzi nwaanyị na-akụziri Chiamaka ha na-agwa Nnenna okwu a. Mgbe ọ na-agwakwanụ ya okwu ahụ bụ mgbe Nnenna jere n'oge ehihie, mgbe akwụkwọ gbasara, ka o bulata ụmụ ya. Onyenkuzi ahụ kpọrọ

ya gaa n'akụkụ, were gwa ya okwu ahụ. Ka ọ gwachara Nnenna okwu ahụ niile, ahụ Nnenna kpọnwụọ. Akpataoyi na ahụ ọmajiji jide ya ma jidesịa ya ike. Nnenna ahụghịzi ọkpa ọ ga-eji were baa n'ime ụgbọala o jiri bịa iburu ụmụ ya. Ike ụwa gwụrụ ya. Ọ hụghịkwa ọnụ okwu. Ihe nwaanyị ahụ gwara ya rịrị ya ọnụ.

Ọ chọghịkwa ịgwa onyenkuzi ahụ na o nweghị ego ọbụla ya na di ya na-enye ụmụ ha. Maka na o kwuo nke ahụ, onyenkuzi ahụ ga-amata ozigbo na Chiamaka na Chidaalụ bụ ndị ohi. Nke a ga-emekwa ka e si n'ụlọakwụkwọ ha chụpụ ha. Ọnọdụ dị otu ahụ ga-ewetakwara ya na di ya ihere na ndụ ha.

Chiamaka na Chidaalụ hụrụ mgbe nne ha na onyenkuzi Chiamaka na-akparị. Mana ha amaghị ihe ha na-akọ maka ya. Somtoo na Kaosi

nọkwa n'ime ụgbọala. Mana ha amaghị nke a na-akọ. N'ụlọakwụkwọ ha, ihe ọbụla Chiamaka na Chidaalụ zụtara, ha na-enye ha. E nye ha, ha erie. Ihe ọbụla ha chọrọ n'ụlọakwụkwọ ha, Chiamaka na Chidaalụ na-azụnye ha.

Ka nne ha na-ebula ha, nne ha ekwughị pịm. Obi adịghị ya mma. Anyammiri bịara ka ọ gbaa ya, o die ya. Ozigbo Nnenna bulatara ụmụ ya n'ụlọ ha, ọ baa n'imeụlọ ya, kpọchie ụzọ were bewe akwa. Ihe kacha were na-ewute Nnenna bụ na ọ sịrị na ọ nọ ebe ọ na-achụ ego n'ahịa Okigwe, ụmụ ya were na-achọ ịlanahụ ya n'iyi. Nnenna agaghịzikwa ahịa ụbọchị ahụ. Ọ nọ n'akwa ahụ tutu di ya lọta.

Ka Nnenna kọchaara Onyedịka otu ya bụ ihe zoro ezo si were see elu, ha abụọ bere ezigbo akwa. Ha

mechaa kpebie n'etiti onwe ha na kama ịchụ ego ga-eme ka ụmụaka ha lachaa n'iyi, kama ịzụ ụmụaka ha ma zụpụta ha mmadụ mee ka ahịa ha



***Ọ bụ onyenkuzi nwaanyị na-akụziri Chiamaka ha na-agwa Nnenna okwu a. Mgbe ọ na-agwakwanụ ya okwu ahụ bụ mgbe Nnenna jere n'oge ehihie,***

mebie. Na ha nọ ebe ha na-achụ ego, ụmụ Chukwu nyere ha were na-alacha n'iyi. Maka na ahịa ha na-azụ anaghị ekwe ha ka ha na-eleru ụmụ ha anya. Ugbua, ụkwụ akpọọla mmọnwụ n'ije. Nsogbu adịla. Mana, a gaghị ahapụ nsogbu ahụ ka ọ dịrị na-aga. Ịzụ ahịa na ịzụ ụmụ ha mụtara, Onyedịka na Nnenna ga-ewerezi otu. Ha ji aka ọkụ, aka ọkụ wee were 'Ịzụ Ụmụ'. Ha sị 'Ịzụ ahịa' ka cheregodu. Ọ bụrụ na a zụchaa ụmụ, a zụwa ahịa. N'ezie, onye ọbụla na-azụghị nwa ya maọbụ ụmụ ya nke ọma gba aka n'ụwa ọ pụtara.

Onyedịka na Nnenna weziere nwayọọ sowezịa ịzụ ahịa ha, ma sochiwezie ịzụ ụmụ ha anya. Ihe

ọbụla ha na-emezi ugbua, ụmụ ha bụ nke izizi. Ịzụ ahịa ha bụrụ nke abụọ. Ka ha bidokwaranụ leruwe ụmụ ha anya otu kwesịrịnụ, ka ikuku ọma batawara na be ha. N'ihi na ọ na-abụ e dozie ọnọdụ, ọnọdị adị mma ọnụnọ.

**AJỤJỤ:**

1. Ọ bụ Onyedịka na nwunye ya na-enye ụmụ ha ego ha ji abịa n'ụlọakwụkwọ ha? ________________
________________________________

2. Kedụ iwu a mara n'ụlọakwụkwọ ụmụ Onyedịka na-agụ akwụkwọ na ya? ____________________________
________________________________

3. Kedụ onye gwara Nnenna ka ọ kwụsị inye ụmụ ya ego ma ha

na-abịa akwụkwo? - ________________________

4. Kedụ ihe kpatara Nnenna ejighị gwa Onyenkuzi nwa ya nwaanyị na ọ bụghị ya na-enye ụmụ ya ego ndị ahụ ha ji azụta ihe n'ụlọakwụkwọ ha? ___________________________________ __________________________________

5, Gịnị ka Nnenna mere mgbe o si n'ụlọakwụkwọ ụmụ ya lọta? ________ ______________________ ____________

6. Kedụ ihe Onyedịka na nwunye ya mere ijiri kwụsị ụmụ ha agwa ọjọọ ndị ahụ ha na-akpa. _______________ ___________________________________

**IHE MMỤTA:**

i) Amamihe ka e ji eso ụwa. Ọ dị mma ka onye ọbụla chee okwu

ọbụla ọ chọrọ ikwu eche tupu o kwuwe ya.

ii) Ndị nne na nna na-achụ ego were hapụ ilebara ezinaụlọ ha na ụma ha anya, marakwa na ha na-egwu olulu ọnwụ ha

## Isi Nke Irinaise
## CHINAZA NỌZỊ N'ENYI

Ihe ọbụla na-eme mmadụ n'ụwa a, Chukwu maara maka ya. N'ihi nke a, were ọnodụ ọbụla ị nọ na ya hanye Chukwu n'aka. Maka na Chukwu

mazu ihe niile ma marakwa ka ihe ọbụla ga-adị.

Ugbua ka Chinaza malitere nụwa ụtọ ndụ. Azụama na nwunye ya weere Chinaza dị ka nwa ha mụtara. Onye ọbula bịara na be ha na-eche na Chinaza bụ nwa ikpeazụ ha. Na be ha ahụ n'Okigwe, ha nyere Chinaza otu ọnụụlọ. Ha tinyekwara Chinaza n'ụlọakwụkwọ praịmarị nke kacha mma n'Okigwe. Ọ bụ na praịmarị nke isii ka Chinaza nọzi ugbua. Ọ bụkwa ụgbọala ka e ji ebujezi Chinaza akwụkwọ. Chinaza nọzi n'enyi ugbua.

O nweghị ụdịrị ihe Azụama na nwunye ya anaghị azụtara Chinaza. Ụdịrị akwa Chinaza nwere, o nweghị ọgbọ ya nwere ya n'Okigwe. A naghịzi ekwu maka akpụkpọụkwụ. Ọ bụghị ụdịrị akpụkpọụkwụ Chinaza

gbara n’ọkpa ta aka ọ ga-agba echi ya.
Ndị Igbo sị na ọ na-abụ e nyejuo dibịa afọ, o jee n’ajọ ọhịa bụta mgbọrọgwụ. Ugbua ka Chinaza maliteziri mewezịa ezigbo omume nke ụwa na-ahụ anya. Ọnọdụ ọma ahụ ọ hụrụ onwe ya na be Azụama emeghị ya ka ọ gbanwoo agwa ya.

Chinaza ekweghịkwa ka ihe dị mma na ndụ ọma gbara ya okirikiri na be Azụama baa ya n’isi. Kama ihe ndị ahụ mere ya ka agwa ọma ya pụtakwuo ìhè.

O nweghị onye hụrụ Chinaza anaghị aja ya mma. Ndụ ya na agwa ya na-atọ ndị mmadụ ụtọ. Chinaza anaghị akpa agwa ka nwata. Ọ maara ihe karịa okenye. Ọ kakwa ndị ha na ya bi were na-eleru anya n’ala.

Azụama na nwunye ya na-akwadosikwa Chinaza ike n'akwụkwọ ọ na-agụ. Ha gwakwara ya ka ọ gụsiwe akwụkwọ ya ike n'ihi na akwụkwọ bụ ndụ. Chinaza ejighịkwa ịgụ akwụkwọ ya egwurị egwu. Ọ na-agụsi akwụkwọ ya ike. Ugbua ka ịma akwụkwọ ya pụtara ìhè. Na klaasị ha, o so na ụmụakwụkwọ ndị a na-ekpupụrụ okpu n'ịma akwụkwọ. Ụbụrụ ya na-aghọzi nkọ pụrụ iche ugbua n'akwụkwọ.

Otu Chinaza si ama akwụkwọ ugbua abụghị otu o sibu ama akwụkwọ mgbe ya na Onyedịka na ezinaụlọ ya bi. Ugbua, obi eruola ya ala. Ọ na-agụkwuazị akwụkwọ n'ezigbo ụlọakwụkwọ. O nwekwuazịrị ohere o ji agụ akwụkwọ ya. Ndị ha na ya bi ugbua weere ya dịka nwa ha. Ha anaghị ahụta ya ka odibo ha. Ha anaghịkwa eme ya ka odibo. Ha na-

akwadosikwa ya ike n’akwụkwọ ọ na-agụ. Ihe ọbụla gbasara ya na-echu ha ụra. A gaghị eji ebe a o bi ugbua tụnyere mgbe o bi na be Onyedịka na Nnenna nwunye ya. Maka na o nweghị otu o si wee gbara ụtụtụ na abalị. N’ihi na ụtụtụ na-akpọpụta mmadụ. Mana abalị na-ekukpụ mmadụ.



***Ugbua ka Chinaza malitere nụwa ụtọ ndụ. Azụ ama a na nwunye ya***

**AJỤJỤ:**

1. Kedụ ihe kwesịrị ka i mee n'ọnọdụ ọbụla ị nọ na ya? ____________________

2. Gịnị ka ị ghọtara n'okwu a: "Ugbua ka Chinaza bidoro nụwa ụtọ ndụ? ______________________________________

3. Kedụ ụdịrị ụlọakwụkwọ Azụama na nwunye ya tinyere Chinaza na ya ka ọ gụọ akwụkwọ? ____________________

4. Ole ihe Chinaza mere ijiri gosi na mmesoma Azụama na nwunye ya na-emeso ya dị ya mma? ______________ ______________________________________

5. Kedụ ihe Azụama na nwunye ya gwara Chinaza maka agụmakwụkwọ? ____________________

______________________________

6. Kedụ ihe mere Chinaza jiri mawa akwụkwọ ugbua karịa mgbe ọ nọ na nke Onyedịka na nwunye ya bụ Nnenna? ______________________ ______________________________

**IHE MMỤTA:**

i) Ọnọdụ dị mma na-eme ka nwata na-agụsi akwụkwọ ya ike ma na-echekwa ezigbo echiche.

ii) O kwesịrị ka i nyere onye ọbụla ị ka mma aka

## Isi Nke Irinaisii
## CHINAZA NWERE OZI

Onyedịka na ezinaụlọ ya maara na Chinaza alọghachitela Okigwe. Ha maara mgbe ọ gbagotekwara Okigwe. Ha makwaara na ọ bụzi ya na Azụama na nwunye ya, bizi. Ha hụkwara na ebe ahụ Chinaza nọ ugbua doro ya ahụ nnukwu karịa mgbe ha nay a bi.

Mana mgbe ọbụla ha chetara Chinana, obi ha na-apịa ha ụtarị. Nnenna cheta ihe o mere Chinaza, amakwaara ejupụta ya obi. Ma Onyedịka, ma Nnenna, maara na o nweghị nwatakịrị ọbụla ha na ya ga-ebi ga-adị ka Chinaza. Kemgbe Chinaza si na be ha pụọ, obi

erubeghị ha ala. Maka na Chinaza tara bụọ ha n'obi, ha tachaa nke ha wee were ya bụkpọọ Chinaza anya ya abụọ. N'ezie, onye emegbukwala nwatakịrị enweghị ihe o mere ya.

Nnenna mechara kpọọ di ya bụ Onyedịka, were gwa ya na ọ ga-adị mma ka ha ga rịọ Chinaza mgbaghara. Onyedịka nabatakwara atụmatụ ahụ n'ihi na ọ bụ onye mebiri ihe ka ọ dịịrị imezi ihe o mebiri. Ha maara ebe ha ga-eje rịọ Chinaza mgbaghara mana ha amabeghị ụbọchị ọ ga-abụ.

Ndị Igbo sị na ọ na-abụ ụkwa ruo oge ya ọ daa. Ụbọchị ahụ bụ ụbọchị ụka. Na mgbede ụbọchị ụka ahụ, Onyedịka nyara Nnenna nwunye ya n'ụgbọala ha, ha wee chọrọ Chinaza gawa n'ebe ahụ o bi. Na be Azụama.

Oge ha batara, Azụama na nwunye ya nọ ya. Ha na-ezu ike. Chinaza nọkwu ya. Azụama na nwunye ya nabatakwara ha nke ọma. Chinaza pụtakwara kelee ha. Ka o kelechara ha, ọ bakwaa n'ọnụụlọ ya ga dina ala. Oge Onyedịka na nwunye ya tachara ọjị Azụama na nwunye ya nyere ha, ha were gwa ndị ha bịara na be ha na ha bịara ka ha hụ ha. Onyedịka gwakwara ha na ya na nwunye ya bịakwutere ha ka ha zie Chinaza ozi. Na o nwere ozi dị mkpa ha bịara ka ha zie ya.

**AJỤJỤ:**

1. Kedụ ihe mere Nnenna ji akwa amakwaara n'obi ya mgbe ọbụla o chetara Chinaza?________________

2. Gịnị ka Nnenna gwara di ya ka ha mee? ____________________________

3. Kedụ ụbọchị Onyedịka na nwunye ya jere hụ Chinaza n’ebe o bi? ________
___________________________________

4. Gịnị ka Chinaza mere mgbe ọ hụrụ Onyedịka na nwunye ya bụ Nnenna n’ụlọ Azụama? ___________________
___________________________________

5. Olee ihe Azụama na nwunye ya nyere ndị ọbịa bịara na be ha? ______
______________ ___________________

6. Deruo ilu a n’isi: “Ụkwa ruo oge ya ________________________________”

**IHE MMỤTA:**

i) Mmadụ anaghị ama uru ihe ọma o nwere baara ya tutu ruo mgbe o tufuru ya.

ii) Obi anaghị eru onye mere ihe ọjọọ ala tutu ruo mgbe o meziri ihe o mebiri.

**Isi Nke Irinaasaa**

**GBAGHARA ANYỊ**

Nwunye Azụama gara kpọpụta Chinaza n'ọnụụlọ ya. Ozigbo Chinaza pụtara soro ha nọdụ ala, Nnenna si n'oche ebe o tukwu kulie sekpuru ala, wee malite rịọwa Chinaza mgbaghara. Ka ọ na-arịọ Chinaza mgbaghara ihe ha mere ya ka ọ na-ebe ezigbo akwa. Ọ sị Chinaza, "Chinaza, nwa m, anyị bịara ka anyị rịọ gị mgbaghara. Anyị ji aha ụmụ anyị na-asị gị, biko gbaghara anyị. Gbaghara anyị. Anyị emejọka gị. Biko, mee ka obi gị dịkwa mma n'ebe anyị nọ. Kwụsịzie iburu anyị iwe n'obi. Anyị na-arịọkwu Chukwu ka Ọ gbaghara anyị n'aka gị. Mana, ọ bụrụ na ị gbaghara anyị, Chukwu ga-agbaghara anyị. Biko, gbaghara anyị ka obi ruo anyị ala. Ị nụla Chinaza nwa m."

Azụama na nwunye ya were sị Nnenna ka o si ebe ahụ o sekpu ala kulie ma nọdụkwa ala ka ọ kwụsịkwa

ibe akwa. Mgbe ahụ Nnenna na-arịọ Chinaza arịrịọ ahụ, Chinaza nọkwa na-ebe ezigbo akwa. Akwa obi mwute. Akwa maka ụnyahụ. Akwa obi mgbawa. Azụama bakwaara Chinaza mba ka o mechie ọnụ ya n'ihi na Chineke ewerela ọnọdụ. Na ihe a na-eme ugbua bụ ntuzi aka Chineke. Chinaza hichara anya ya ma kwụsịkwa ibe akwa. Mana ọ kwụsịghịkwa ịkpọkwa imi.

Onyedịka tinyekwara ọnụ n'arịrịọ mgbaghara ahụ. O sokwa rịọ Chinaza ka ọ gbaghara ya na ezinaụlọ ya n'ihi na akaọrụ ekwensu na-adị njọ. Na o nweghị ihe ga-eme ka ha chefuo ihe ọma o meere ha. Na ụmu ha agaghịkwa echefu otu o siri leta ha ezigbo anya mgbe ha na ya bi.

Chinaza jikwa obi ụtọ na obi ọcha were nabata mgbaghara ahụ ha

rịọrọ ya. Ihe kacha tọọ ya ụtọ bụ na eziokwu apụtala ihe. Na ndị ha na ya bi ugbua ahụla na aka ya dị ọcha n'ezie dị ka o siri gwa ha. Chinaza mechakwara gwa ha ka ha soro ya kelewe nnayaukwu bụ Azụama na nneyaukwu bụ nwunye Azụama n'ihi otu ha siri kuru ya n'ahụ ka nwa ha.

Azụama na nwunye ya kelekwara Onyedịka na nwunye ya bụ Nnenna na otu ha siri nwenwuo ike bịa rịọ onye ha mejọrọ mgbaghara. Ha mekwara ka Onyedịka na Nnenna mata na Chinaza bụ ezigbo nwa. Na ọ nụla mgbaghra ha rịọrọ ya.

Tupu Onyedịka na Nnenna alaghachi na be ha, ha niile makụrụ onwe ha. Ma Azụama, ma nwunye ya, ma Onyedịka, ma Nnenna, ma Chinaza, onye ọbụla ji ọṅụ were na-amakụ ibe ya n'ihi na Chineke edoziela ihe mebiri emebi. Oge Onyedịka na

nwunye ya bụ Nnenna na-apụzi n'ezi ka ha banyekwa ụgbọala ha lawa, Chinaza sokwa were dupu ha. Ọ gwakwara ha ka ha keleere ya Chiamaka, Chidaalụ, Somtoo na Kaosi. Na ọ ga-abịa otu ụbọchị hụ ha ma marakwa otu ha mere.



***Chinaza jikwa obi ụtọ na obi ọcha were nabata mgbaghara ahụ ha rịọrọ ya. Ihe kacha tọọ ya ụtọ bụ na eziokwu apụtala ìhè.***

## AJỤJỤ:

1. Kedụ onye jere kpọpụta Chinaza n’imeụlọ?

   ____________________

2. Gịnị ka Nnenna mere mgbe o si n’oche ya kulie?

   ____________________

3. Kedụ onye kwuru okwu a: “Gbaghara anyị. Anyị emejọka gị”

4. Kedụ ihe Chinaza na-eme mgbe a na-arịọ ya mgbaghara?

   ________________

5. Gịnị kacha were tọọ Chinaza ụtọ?

6. Chinaza o mechara gbaghara Onyedịka na nwunye ya bụ Nnenna?

**IHE MMỤTA:**

i) Onye mee ihe ọjọọ were rịọ mgbaghara, o kwesịrị ka a gbaghara ya.

ii) Ihe ọjọọ ọbụla mmadụ mere maọbụ na-eme, nwere ụgwọọrụ.

## Isi Nke Irinaasatọ
## CHINAZA AGỤCHAALA SEKỌNDỊRỊ

N'ezie, ịgụ akwụkwọ na-atọ ezigbo ụtọ ma onye na-agụ akwụkwọ nwee onye na-azụ ya. Maka na ịgụ akwụkwọ kacha aga werewere ma ọ bụrụ na onye na-agụ akwụkwọ nwezuo ihe e ji agụ akwụkwọ. N'ihi na ọ bụrụ na nkwa egwu zuo oke, egwu a na-akụ ana-adaba. Onye na-agba egwu a na-amali elu ma na-amatukwa n'ala. Maka na ihe niile a na-akụrụ ya na nkwa na-eme ya ka o wepụtachaa ihe niile dị ya n'ime n'egwu ọ na-agba.

Chinaza agụchaala akwụkwọ Sekọndịrị. Ọ gụrụ akwụkwọ Sekọndịrị ya nke ọma. Ọ bụkwa n'ụlọakwụkwọ Sekọndịrị ndị ụka ka ọ gụkwara akwụkwọ Sekọndịrị. Malite n'afọ nke mbụ ya na Sekọndịrị wee ruo n'afọ nke isii ya, o mere nke ọma n'akwụkwọ ya. Ọ gụrụ akwụkwọ Sekọndịrị ya nke ọma. O ji obi ụtọ na obi iru ala were gụo akwụkwọ Sekọndịrị ya. Ọ bụkwa na be Azụama na nwunye ya ka o bi were gụchaa akwụkwọ Sekọndịrị.

Kemgbe Chinaza banyere na Sekọndịrị nke mbụ wee ruo na Sekọndịrị nke isii, o nweghị ihe e ji agụ akwụkwọ ọ chọrọ achọ. Chinaza na-erikwa ụdịrị nri ọbụla ọ chọrọ iri ma na-ezukwa ike mgbe ọbụla o jiri chọọ na kwa otu o siri chọọ. Ndị ha na ya bi maara uru ịgụ akwụkwọ bara. Ọ bụ ya kpatara ha jiri kwụdosie ya ike n'akwụkwọ ọ na-

agụ. Ha bụkwa ndị nwere obi Chineke ma bụrụkwa ndị bụ ezigbo ndị ụka. Ọ bụ ya kpatara ha jiri were nwa onye ọzọ ka nwa ha mụtara. Ọ bụkwa ya kpatara ha jiri mata n’ezie na onye meere mmadụ ihe ọma bụ Chukwu ka o meere ya. Maka na ihe ọbụla anyị na-emere mmadụ ibe anyị bụ Chukwu ka anyị na-emere ya. Ihe ọbụla anyị mere mmadụ ibe anyị bụkwa Chukwu ka anyị mere ya.

N’ezi, Azụama na nwunye ya maara Chukwu ha na-efe. Ha makwa ka e si efe Chkwu site n’imepụta ya n’omume. Ọ bụghị ọnụ ka e ji efe Chukwu. Ọ bụ omume ọma na akparamagwa bụ sọ mma na-egosipụta onye na-efe Chukwu ofufe ọma. Matakwa na ihe onye ọbụla na-eme, na Chukwu maara maka ya. Onye ọbụla na-aghọsa Chukwu aghụghọ bụ onwe ya ka ọ na-aghọrị.

N'ihi na ọkwụrụ anaghị akarị onye kụrụ ya.

**AJỤJỤ:**

1. Ịgụ akwụkwọ dị mma ma bụrụkwa nke na-aga werewere ma ọ bụrụ na ________________________________?

2. Kedụ ndị nwe ụlọakwụkwọ ebe Chinaza gụrụ akwụkwọ nke Sekọndịrị ya? ______________________

3. Kedụ ndị zụrụ Chinaza n'ụlọakwụkwọ n'ogo nke praịmarị na Sekọndịrị? ________________________

4. Gịnị kpatara Azụama na nwunye jiri kwadoo Chinaza na agụmakwụkwọ ya? ______________________________

5. Kedụ ihe na-egosipụta na mmadụ na-efe Chukwu nke ọma? ____________

________________________________

6. Kedụ ihe ị ghọtara na 'mmadụ inwe obi Chineke'

____________________

________________________________

**IHE MMỤTA:**

i) Onye hụrụ onye na-azụ ya n'akwụkwọ gbaa mbọ gụsie akwụkwọ ya ike ka o wee baara onwe ya uru.

ii) I nwe obi Chineke na-eme ka mmadụ na-eme omume ọma ma na-akpasaokwa mmadụ ibe ya agwa ọma.

## Isi Nke Irinaitoolu
## ỤRA TỌWA ỤTỌ

Akwụkwọ anaghị adị mma a gụkata ya ka a gụdebe ya n'ụzọ. Maka na onye na-ama akwụkwọ agụrughị akwụkwọ n'isi, emeri na-egbu ya. Mana, matakwa na ọ bụ onye nna ya nọ n'ọgbọ okwu bụ onye ikpe anaghị ama. Maka na ọ bụ onye nna ya dunyere ohi na-eji ọkpa agbọwa ọnụụzọ. Mana, onye enweghị onye ga-ekwuru ya na-eji nwayọọ baara okwu n'ụlọ. N'ihi na ụsụ sị na ọ maara otu ihu ya dị, na ọ bụ ya kpatara o jiri were anyasịna-efe. Mana, onye nwere onye ga-ekwuru ya na-eji ọkpa azọwa ala.

Chinaza abanyela Mahadum. Ọ bụ ozigbo ọ gụchara akwụkwọ sekọndịrị ya ka o nwetara ohere ịgụ akwụkwọ na Mahadum. N’ezie, ịgụ akwụkwọ ma gụruo ya n’isi dị Chinaza ezigbo mkpa ugbua. Maka na ọ bụ ụra tọwa ụtọ, e kwowe ya ekwowe. Mahadum Chinaza nwetara ohere ịgụ akwụkwọ na ya bụ Mahadum Steeti Abịa nke dị n'Uturu. Ihe ọmụmụ ọ na-amụ ebe ahụ bụ ihe ọmụmụ banyere omume na akparamagwa mmadụ. Ndị ha na ya bi bụ Azụama na nwunye ya, nwekwara nnukwu ọṅụ na Chinaza abanyela Mahadum. Ha sịkwa ya rịwa ya bụ elu ma rịruo ya n’isi n’ihi na ọ gaghị ada. Na ha kwụ ya n’azụ chịmchịm. Ọ bụkwa na be Azụama ahụ Chinaza bi ka o si were na-aga akwụkwọ na Mahadum ha dị n’Uturu.

Ozigbo Chinaza nwetara ohere ịgụ akwụkwọ na Mahadum dị n’Uturu ka o ji ọnụ were na-amali elu, na-ekele Chukwu n’ezigbo ihe ọma o meere ya. N’ihi na ọ sịrị na ọnwụ egbuola otu e siri rụọ aka. Na ọ bụ ihe ọ rịọrọ Chukwu ka Chukwu meere ya. Na ọ maghị otu ọ ga-esi were kelewe Chukwu n’ihi otu O si eme ka ihe niile na-agaziri ya n’ụzọ kacha mma. Ihe bụ isi ọṅụ Chinaza na obi ụtọ ya bụ na Mahadum Uturu ahụ ọ na-agụ akwụkwọ na ya dị ezigbo nso n’Okigwe ebe o bi na nke Azụama na nwunye ya.



***Chinaza abanyela Mahadum. Ọ bụ ozigbo ọ gụchara akwụkwọ sekondiri ya ka o nwetara ohere igụ akwụkwọ na Mahadum.***

Uturu na Okigwe didebere. Site n’Okigwe gawa Uturu, maọbụ site n’Uturu gawa Okigwe dị ka site n’imi gawa n’ọnụ maọbụ site n’ọnụ gawa n’imi. Okigwe na Uturu bụ agbataobi. Ha abụọ enweghị nke tere ibe ya aka. Onye nọrọ n’Okigwe kpọọ oku, onye nọ n’Uturu ga-anụ

ya. Onye nọrọkwanụ n'Uturu kpọọ oku, onye nọ n'Okigwe ga-anụ ya.

Akwụkwọ Chinaza si n'Okigwe ebe ha bi were na-aga na Mahadum dị n'Uturu dị ya ahụ mma. O nweghị ihe ọbụla na-ata ya mmiri n'ahụ. Naanị ihe na-eche ya uche bụ otu ọ ga-esi gụọ akwụkwọ ma gụta ya ihe. Ihe niile o ji agụ akwụkwọ zuru oke. Ndị o bi na be ha kwudosikwara ya ike n'azụ. Ha na-agbakwa ya ume n'ụzọ pụrụ iche. Chinaza n'onwe ya na-agbasikwa mbọ ike n'ịgụ akwụkwọ. Maka na ọ maara na mmadụ ekwesịghị ka o were ohere ọbụla bịakwutere ya na ndụ were gwurie egwu. Onye ọbụla ji ezigbo ohere Chukwu nyere ya na ndụ ya were gwurie egwu matakwa na ụwa nke ya echuola ma burụkwa ụwa kpuru ihu n'ala. N'ihi na inweta ezigbo ohere na ndụ anaghị abịa kwa mgbe.

**AJỤJỤ:**

1. Mmadụ iguru akwụkwọ ya n’isi, ọ bụ ihe dị mma? Kọwaa nke a nke ọma.

   ________________________________

   ________________________________

2. Kedụ mgbe Chinaza banyere ụlọakwụkwọ Mahadum? ___________

   ________________________________

3. Kedụ Mahadum Chinaza nwetara ohere ịgụ akwụkwọ na ya?_________

   ________________________________

4. Kedụ ihe Chinaza na-amụ n’ụlọakwụkwọ Mahadum dị na n’Okigwe?

   _______________________

   ________________________________

5. Kedụ ebe Chinaza si were na-aga akwụkwọ. _-
______________________

**IHE MMỤTA:**

i) Mmadụ ekwesịghị iji ohere ọma e nyere ya were gwurie egwu.

ii) Ihe ọbụla ị rịọrọ Chukwu bụ ezigbo ihe, Ọ ga-emere gị ya

## Isi Nke Iriabụọ
## ONYE NỌBU N'AZỤ OCHE

N'ezie, ihe ọma amaka. Ọ bụ ya kpatara ndị Igbo ji were na-ekwu okwu na-asị na ihe ọma anaghị adaru ala. Anya ọbụla hụrụ ihe ọma na-achọ ka o were ya. Maka na o nweghị onye achọghị ka ihe ọma ruo ya aka. Mana anya hụrụ ihe ọjọọ na-etufu ihu ya. N'ihi na o nweghị onye na-achọ ka ihe ọjọọ bata na be ya. Ihe a na-etuta agbọ ya bụ ihe ọma. A nghị etuta agbọ ihe ọjọọ. Onye ihe ọma na-eri uru ihe ọma. Mana onye ihe ọjọọ na-anata ntaramahụhụ

Ugbua, Chinaza nọzi n'ogo afọ nke abụọ n'ihe ọmụmụ ọ na-amụ na Mahadum. Ọ bụ n'afọ nke abụọ ahụ ka ọ nọ were lụọ di. Ozigbo ọ banyere na Mahadum, ndị chọrọ ịlụ ya were chọọ ịchụpụ Azụama na nwunye ya n'ụlọ. Mana mee elu,

mee ala, a ga-enweriṛi osisi nnụnụ hụrụ n’anya ọ ga-ebe na ya.

N’ezie, ọ bụ nwaanyị dị mma na-ahọ di. Nwaanyị makwanụ na ọ dị mma na-eji nwayọọ chọta nwaoke ha abụọ ga-ebinwu. Maka na nwaanyị dị mma lụta nwoke dị njọ, nwaanyị ahụ ga-aṅacha ka abada ma chuo ka akwa. N’aka nke ọzọ, nwoke ọbụla dị mma, ga-agbakwa mbọ lụta nwaanyị ha abụọ ga-ebinwu. Maka na nwoke ọbụla dị mma lụtara ajọ nwaanyị kwesịkwara ka ọ mata na o werela aka ya gwuo iliọnwụ ya ma na-echezi ụbọchị ọnwụ ga-abịa duru ya. N’ihi na ajọ nwaanyị bụ ọnwụ nwoke.

Aha nwokorobịa ahụ na-alụ Chinaza bụ Echefulachukwu. Echefulachukwu na Chinaza bụ otu obodo. Ọ bụ diọkpara nwanne nwoke Azụama. Azụama tọrọ mmadụ abụọ were tọọ

nna Echefulachukwu. Echefulachukwu gụrụ akwụkwọ ya niile n'ala bekee. Ọ dị obere mgbe nna ya kpọpụrụ ya ala bekee ka ọ ga gụọ akwụkwọ ma gụruo akwụkwọ n'isi. Nna ya na nne ya bi n'Aba. Ha nwekwara ego na-esi isi. Ha bụ ndị ji ego were na-achụtakwa ego. Aha ha na-ewu ewu n'Aba. Ọ bụghị naanị Echefulachukwu bụ nwa ha gụrụ akwụkwọ n'ala bekee. Ụmụ ha niile gụgbadoro akwụkwọ n'ala bekee.

Ozigbo Echiefulachukwu gụchara akwụkwọ ya n'ala bekee, ọ lọtakwara n'ala anyị bụ Naịjirịa iji were chọta awele ya. Ọ laghachikwara n'Aba ebe a nọ were mụo ya, were malite ịzụ ahịa. Ahịa gịnị ka ọ na-azụ? Ahịa ụgbọala! Echefulachukwu kacha ndị niile na-azụ ahịa ụgbọala n'Aba were nwee ego. Ego Echefulachukwu nwere ka nke nna ya na nne ya nwere. A gụwa

ndị ji ego n'Aba, a ga-agụnyerịrị Echefulachukwu.

N'ezie, ọgaranya amaka n'okorobịa. Echefulachukwu kpatara ego n'Aba. Ị hụkwuo ya ị ga-amata ozigbo na ego ejefioghị ụzọ n'ebe ọ no. Maka na a hụ dimkpa, a hụ ogologo imi ya. Maka na nwoke ọbụla kpatara ego, ma marakwa ka e si eri ego, na-esi ndụ ndụ mgbe niile.

Ebe Echefulachukwu na Chinaza nọ were gbaa akwụkwọ bụ n'Aba. Ụbọchị ha gbara akwụkwọ, ụzọ agaghị aga n'Aba. Mmadụ na-arị ibe ya elu ụbọchị ahụ. Ụgbọala bịara ya bụ agbamakwụkwọ karịrị ndị mmadụ bịara agbamakwụkwọ ahụ n'ọnụọgụ. Ọ bụkwa Azụama bụ onyeisioche n'agbamakwụkwọ ahụ. N'ụbọchị ahụ, ya na nwunye ya gosikwara ụwa na ihe ọma dị mma ka a na-emere ya onye dị mma. Ọ

bụkwa Azụama bụ onyeakaebe n’alụmdi na nwunye Echefulachukwu na Chinaza.

Onyedịka na nwunye ya bụ Nnenna na ụmụ ha anọ sonyekwara n’ụzọ pụrụ iche n’agbamakwụkwọ ahụ. Ha nyeere Chinaza aka n’ụzọ pụrụ iche n’agbamakwụkwọ ahụ. Ha jikwa ohere agbamakwụkwọ ahụ were kelee Chinaza nke ọma n’ihe ọma o meere ha. Maka na ihe onyinye ha nyere Chinaza n’agbamakwụkwọ ya dị ka ọ kacha nke ibe ya. N’ezie, Onyedịka na Nnenna gbalịrị nke ukwu n’agbamakwụkwọ Chinaza.

Ozigbo Chinaza na Echefulachukwu gbachara akwụkwọ, Echefulachukwu kpọrọ



***Ebe Echefulachukwu na Chinaza nọ were gbaa akwụkwọ bụ n'Aba. Ụbọchị ha gbara akwụkwọ, ụzọ agaghị aga n'Aba.***

nwunye ya lawa n'ọmarịcha ụlọelu ọ rụrụ dị n'Ụmụngasị.

Ọ bụ ozigbo Echefulachukwu kwabagara n'ụlọ ahụ ka ọ gara lụọ nwaanyị. Echefulachukwu sikwa n'ụgbọala niile ahụ ọ na-ere ere bunye nwunye ya bụ Chinaza otu ọmarịcha ụgbọala ọpiachara. N'ezie, Chinaza nọbụ n'azụ oche abụrụla onye nọzi n'ihu oche ugbua. Ọ bụ ka uwa si were dị. Maka na ọ bụ otu onye siri ghụọ ahụ ya ka Chi ya ga-esi chịnye ya akwa. N'ihi na ọkụkọ ọbụla ga-abụ oke ga-ebidorịrị n'eju.

**AJỤJỤ:**

1. Onye bụ Echefulachukwu?

   ________________________________

2. Onye na-eme ihe ọma na-eri uru ihe ọma. Mana onye na-

eme ihe ọjọọ na-anata?

___________________________

3. N'afọ nke ole na Mahadum ka Chinaza nọ were lụọ di?

___________

4. Kedụ aha nwoke na-alụ Chinaza?

_________________________________

5. Ebee ka Echefulachukwu gụrụ akwụkwọ?

_______________________

6. Ebee ka Echefulachukwu bi were na-azụ ahịa ya?

______________________

7. Ebee ka Echefulachukwu na Chinaza nọ were gbaa akwụkwọ?

_________________________________

8. Kedụ ka Onyedịka na ezinaụlọ ya siri gosi Chinaza na ihe ọma o meere ha dị ha mma? ______________________ __________________________________

**IHE MMỤTA:**
Ọ bụ onye na-eme omume ọma ka ihe ọma na-esogharị

## OKWU MMECHI

O nweghị ihe karịrị ebe onye siri pụta. Be mmadụ bụ isiobi ya. Ebe ọbụla onye nọ, be ha dị ya n'obi. Maka na onye ọbụla ọsọ chụwara, ebe ọ ga-edo ihu bụ na be nna ya.

Onye ọbụla na-emegbu nwatakịrị n’ihi na o nweghị azụ, matakwa na a mụrụ nwatakịrị ahụ amụ. O nwekwara ndị mụrụ ya na kwa ebe a nọrọ mụọ ya. N’ihi nke a, onye ije ọbụla nwere ebe o si. O sighị n’elu were datuo n’ala.

Nwatakịrị gawa ije, ije ya jọwa njọ, uche ya alaa na be nna ya. Maka na onye ọbụla gbajere ọsọ na be nna ya, agbaruola ọsọ ya n’isi. N’ezie, kama nwatakịrị ga-anọ na be mmadụ n’ihi ihe isiike wee kuru ọnwụ n’aka, ọ kaara ya mma na ọ lara na be ha ga kwọrọ ihe isiike n’azụ.

Ọ na-abụ e ribie anụ, e were azụ kwụọ ụgwọ. N’ezie, anyị bụ mmadụ. Anyị na-emehie mgbe niile. Mana, onye mehio ma werekwa obi ya niile

rịọ mgbaghara, o kwesịkwara ka a gbaghara ya.

Mana omume ọbụla ị na-eme n'ụwa a, kpachapụkwa anya gị. Marakwa ihe ị na-eme. Uche gị kwesịrị ka ọ na-ezu oke na ndụ ị na-ebi. Ọ dị mma ka ị ghọta n'ezie na ọ na-abụ a dọbie were zọkwaba, na ọ naghịzi ezu oke.

Onye emegbukwala nwogbenye. Matakwa na mmegbu ọbụla i megburu nwogbenye na-abụrụ ya ngọzi. Maka na Chineke bi n'eluigwe anaghị agbachi nkịtị n'okwu gbasara nwogbenye. Ọ na-alụrụ nwogbenye ọgụ n'ụzọ pụrụ iche. Gị, ajọ nwoke, gị, ajọ nwaanyị na-emegbu nwogbenye, kpachapụkwa anya gị.

**Chinedum E. Ofomata**